**COURSE GUIDE**

**NATIONAL OPEN UNIVERSITY OF NIGERIA**

**FACULTY OF ARTS**

**DEPARTMENT OF LINGUISTICS, FOREIGN AND NIGERIAN LANGUAGES**

**COURSE CODE**: IGB 341

# COURSE TITLE: PHONOLOGY OF IGBO II

**CREDIT UNITS:** 2

NATIONAL OPEN UNIVERSITY OF NIGERIA

**IGB 341: PHONOLOGY OF IGBO II**

Odee: Dkt. Linda Chinelo Nkamigbo
Ngalaba Lingwistiks,
Mahadum Nnamdị Azịkiwe, Ọka (Department of Linguistics, Nnamdi Azikiwe University, Awka)

Odezi: Prọfesọ B. M. Onyemaechi Mbah
Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa Ndị Ọzọ, Mahadum Naịjirịa, Nsụka.
(Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages)

Ọchịkwa: Prọfesọ Herbert Igboanụsị
Ngalaba Lingwistiks na Asụsụ Afrịka, Mahadum Ibadan, Ibadan
(Department of Linguistics and African Languages, University of Ibadan, Ibadan, Nigeria.)

National Open University of Nigeria
Isi Ọnọdụ
14/16 Ahmadu Bello Way
Victoria Island
Lagos

Ọfisi Abụja
No. 91, Cadastral Zone, University Village
Nnamdi Azikiwe Eụpress Way
Jabi, Abuja
Nigeria

Ọwa ozi: centralinfo@nou.edu.ng
URL: www.nou.edu.ng

Ndị Bipụtara ya

National Open University of Nigeria

Afọ a kụpụtara ya n’igwe, 2021

ISBN:
Mbigharị akwụkwọ a n’ụdị ọ bụla dị n’iwu.

**Ndịna** **Ihu akwụkwọ**

Mkpọlite……………………………………………………………………………..........................iv

Mbunuche izugbe…………………………….………………………………………………......iv

Mbunuche kpọm kwẹm……………………………………………………………………......iv

Ngwa ihe ọmụmụ………………………………………………………………………………iv

Yunit ihe ọmụmụ……………………………….………………………… ………….v

Akwụkwọ ọgụgụ na nrụmaka………………………….…………….………………………vi

Nnwale…………………………………………………………….……………….................vi

Ihe omume……………………………………………………………………………………vi

Ule na enyem-maakị……………….…………………………………………………….....vi

Usoro enyem-maakị…………………………….……………………………………………….vi

Ka a ga-esi ritekaricha uru ihe ọmụmụ a…………………..………………..................................vi

Ndị nduzi na nkụzi…………………………………………………………………………....vii

Nchịkọta…………………………………………..…………………………………….vii

**Mkpọlite**

**IGB 341:** *Fọnọlọjị Igbo 2* bụ ihe ọmụmụ nke bu ọkpụ kredit abụọ. E wepụtara ya ụmụ akwụkwọ ndị nọ n'agba agụmakwụkwọ afọ nke atọ ha n'agụmakwụkwọ maka nzere B.A. (Igbo). Ihe ọmụmụ a na-akụzi atụtụ ọdịdị ụda asụsụ dị iche iche na etu ha si metụta usoro ọdịdị ụda asụsụ dị iche iche. A haziri amụmamụ a na modul ise, ndị ga-enyere ụmụ akwụkwọ aka ịmụta ọdịdị ụda asụsụ n'uju ọkachị atụtụ mmụbawanye nsiniwu. Nke a pụtara na ha ga-eleba anya na nkọwami usoro mkpụrụ ụda mmụbawanye nsiniwu; usoro mkpụrụ ụda dị iche iche; mmepụta ụda olu Igbo; nkeji okwu na ndakọrịta ụda ume, atụtụ ọdịdị ụda asụsụ ndị ọzọ, na okwu mbite.

**Mbunuche izugbe**

Mbunuche ihe ọmụmụ a bụ ịkụzi atụtụ na usoro ọdịdị ụda asụsụ. Ị ga-amụ ọdịdị ụda asụsụ na atụtụ ya dị iche iche. A ga-akụzikwa usoro ọdịdị ụda asụsụ e nwegasịrị. Atụtụ ọdịdị ụda asụsụ ị ga-ebu ụzọ gụọ maka ya bụ nke mmụbawanye nsiniwu. A ga-akụzi ebumnobi na njirimara ya. N'otu aka ahụ, ị ga-ahụ etu e si eji usoro mkpụrụ ụda mmụbawanye nsiniwu akọwa amụmamụ usoro mkpụrụ ụda. Ihe ga-esote bụ usoro ọdịdị ụda asụsụ ga, ebe a, ị ga-amụ ihe gbasara olilo, ndapụ ụda, mkpafanye ụda, mgbanwerịta ụda, mkpọso na iwu ụdịdị ụda. Ị ga-amụkwa maka ụda olu. N'ime nke a, ụmụ akwụkwọ ga-amụ nkọwa na ụdịdị ụda olu, ọrụ ụda olu na-arụ n'asụsụ Igbo, ihe ndị kwesiri ka a mata banyere ịkanye akara ụda olu na mkpụrụ okwu, tinyekwara usoro nkanye akara ụda olu. Nke a gachaa, ị mụọ ebe nkeji okwu na ndakọrịta ụda ume metụtara. Ihe ga-apịachi ihe ọmụmụ a ga-abụ ọdịdị ụda asụsụ ndị ọzọ na etu ihe ndị a niile siri gbaa n'anwụ na mkpụrụ okwu ndị e si n'ásụsụ ọzọ webata n'Igbo.

**Mbunuche kpọm kwęm**

Yunit iri na itoolu dị n'ihe ọmụmụ a. Yunit ọ bụla nwere mbunuche nke ya. Ọ dị mkpa na ị ga-gụrụ mbunuche yunit ọ bụla; mbunuche ihe ọmụmụ a gụnyere:

a. ịma ọdịdị ụda ụda asụsụ dị iche iche

b. ịmụta na ọ bụ nkeji okwu na-ebu ụda olu

ch. ịmata ndịmiche dị mkpị iche na agwara mpụrụ iche

d. ime ka nwata akwụkwọ jiri ihe ọ mụtara n'ihe ọmụmụ a kọwaa nyochaa usoro mkpụrụ okwu Igbo

**Ngwa ihe ọmụmụ**

Ihe ndị mejupụtara ihe ọmụmụ a bụ:

a. mkpọlite ihe ọmụmụ

b. yunit amụmamụ ga

ch. Ngụmi

d. Ihe omume ga

e. Nhazi

**Yunit ihe ọmụmụ**

**Modul 1: Nkọwami usoro mkpụrụ ụda mmụbawanye nsiniwu**

Yunit 1: Iji atụtụ usoro mkpụrụ ụda mmụbawanye nsiniwu

Yunit 2: Ebumnobi usoro mkpụrụ ụda mmụbawanye nsiniwu

Yunit 3: Njirimara usoro mkpụrụ ụda mmụbawanye nsiniwu

**Modul 2: Usoro mkpụrụ ụda mmụbawanye nsiniwu**

Yunit 1: Olilo

Yunit 2: Ndapụ ụda

Yunit 3: Mkpafanye ụda

Yunit 4: Mgbanwọrịta ụda

Yunit 5: Mkpọso

Yunit 6: Iwu ụdịdị ụda

**Modul 3: Mmepụta ụda olu Igbo**

Yunit 1: Nkọwa na ụdịdị ụda olu

Yunit 2: Ọrụ ụda olu na-arụ n'asụsụ Igbo

Yunit 3: Ịkanye akara ụda olu na mkpụrụ edide

Yunit 4: Usoro nkanye akara ụda olu

**Modul 4: Nkeji okwu na ndakọrịta ụda ume**

Yunit 1: Nkeji okwu

Yunit 2: Mgbaso iwu ndakọrịta ụda ume

Yunit 3: Nnupu isi na ndakọrịta ụda ume

**Modul 5: Atụtụ ọdịdị ụda asụsụ ndị ọzọ na okwu mbite**

Yunit 1: **Usoro nkọwa mkpụrụ ụda ọdịnala**

Yunit 2: Atụtụ agwara mmemiche

Yunit 3: Mkpokọta nchọcha e merela n'okwu mbite

**Akwụkwọ ọgụgụ na nrụmaka**

Yunit ọ bụla nwere akwụkwọ nrụmaka na ngụmi na njedebe ya. Ngụmi ndị ahụ ga-enyere gị aka ịgụmi isi okwu ọ bụla agụmi.

**Nnwale**

A ga-esi na nnwale, ihe omume na ule kpọm kwẹm tụlee mmetadebe gị.

**Ihe omume**

Yunit ọ bụla nwere ihe omume. Ọ dị nnukwu mkpa na i dere ha niile ma nyefee ha maka ntụle. Onye nkụzi gị ga-atụle ihe omume n'ajụjụ nnwale niile ma họrọ atọ ndị kachasị mma a ga-agbakwụnyere ule.

**Ule na enyem-maakị**

Na ngwụcha ihe ọmụmụ a, ị ga-ele ule nke ga-ebu pasent iri asaa (70%). Ule ahụ ga-ewe awa abụọ; a ga-enye gị ajụjụ ise, nke a tụrụ anya na ha ga-aza atọ n'ime ha.

**Usoro enyem-maakị**
Tebul a dị n'okpuru na-egosi etu e siri kerie maakị, nke ihe ọmụmụ a.

| **Ntụle** | **Maakị** |
|---|---|
| Ihe omume | A ga-ahọrọ ihe omume atọ ndị kacha mma. Ha ga-agbakọta pasent iri atọ (**30%)**. |
| Ule kpọm kwem | Maakị ya ga-abụ pasent iri asaa (**70%)**. |
| **Mgbakọta** | **100%** |

**Ka ị ga-esiritekaricha uru ihe ọmụmụ a**

N'amụmamụ dị anya (nke e nwere ike ịkpọ arụ agụ), yunit amụmamụ na-anọchi anya nkụzi mahadum. Otu n'ime uru amụmamụ ṅdị anya bara bụ na ị ga na-arụ ọrụ ma na-agụkwa akwụkwọ n'otu aka ahụ mgbe dị gị mma. Ọ bụzighị ịnọdụ ala na klasị na-ege onye nkụzi ntị. Yunit amụmamụ dị iche iche nọchiri anya ihe onye nkụzi ga-akụzi. E nwekwara ihe omume dị iche iche na ngwụsị nkega ọ bụla ndị ga-enyere gị aka ịmụgharị ihe ị gụrụla.

Yunit niile gbasoro otu usoro. Ihe mbụ bụ mkpọlite, ebe a kọwara ihe yunit ọ bụla ga-akụzi. Nke na-esote ya bụ mbunuche, nke ga-eme ka ị mata ihe a tụrụ anya n'aka gị na ngwụsị yunit ahụ. Ọ bụ ihe dị ezigbo mkpa na ị ga-alọghachi azụ tụlee ma i mezuru mbunuche ndị ahụ tupu ị gawa na yunit ọzọ. Ihe na-esote nke a bụ ndịna kpọm kwem ebe a kụziri ihe n'uju. I lee anya, ị ga-ahụ ihe omume na-esote tinyekwara ajụjụ nnwale. Ọ bụ iwu na ị ga-eme ihe omume ma zaa ajụjụ niile n'ihi na ha nwere maakị, nke a ga-agbakwụnyere maakị ule. Yunit ọ bụla nwere mmechi na nchịkọta ebe a chịkọtara ihe a kụzirila.

Ọ bụrụ na o nwere ihe mgbagwoju anya i nwere ka ị na-agụ ederede a, kpọtụrụ onye nduzi gị maka enyemaka. Gbaa mbọ hụ na ị na-agaru n'ebe ọmụmụ kwa mgbe kwa mgbe ya na ọwa ozi mahadum iji mata mgbe ị ga-ele ule na ozi ndị ọzọ dị mkpa.

**Ndị nduzi na nkụzi**

A ga-eme ka ị mata ụbọchị, oge na ebe a ga-enwe ọmụmụ akwụkwọ tinyekwara aha onye nduzi gị, akara ekwentị ya na ebe ị ga-ahụ ya. Gbaa mbọ hụ na ị deziri ndehie onye nduzi gị ga-egosi gị. Nke a ga-enyere gị aka ime nke ọma n’ihe ọmụmụ a. N’otu aka ahụ, gbaa mbọ hụ na i nyefere ihe omume gị oge na mgbe o kwesiri ka ị ghara iti ngara-amara. Ọ dị oke mkpa na ị ghaghị ọmụmụ akwụkwọ maka na ọ bụ ya ga-enye gị ohere ịhụ onye nduzi gị ihu na ihu ma nwetekwa enyemaka na nkega ndị na-ahịa gị ahụ.

**Nchịkọta**

Ọdịdị ụda asụsụ na-achọpụta ihe dị iche n’ụda dị iche iche, ya na usoro ha na-eso na mmepụta okwu. Ebumnobi usoro mkpụrụ ụda mmụbawanye nsiniwu bụ ịghọta ọdịdị nke mmụta asụsụ na otu nwa ọhụrụ si amata ya. E lebara anya n’ịchọpụta ihe ọmụma, nke na-ebute akparamagwa mmadụ. E mere nke a site n’iji usoro ọmụmụ usoro mkpụrụ ụda. Ndị na-amụ ụda olu na-ekwu na nkọwa asụsụ kwesiri ịgba mbọ wuo ụtọ asụsụ, nke nwere ike imepụta ụdị asụsụ. Iwu gbasara ụdịdị ụda na-akọwakarị usoro ya na ijidekwa ụfọdụ mkpọpụta mkpụrụ ụda. Iji maa atụ, iwu usoro ụda na-ekwu na ụda ume ala na-agbanwe bụrụ ụda ume elu n’ọnọdụ dị aṅaa; a kọwapụtara nke a ọfụma site n’iji iwu ụdịdị ụda.

## MODUL 1: NKỌWAMI USORO MKPỤRỤ ỤDA MMỤBAWANYE NSINIWU

Ihe ị ga-amụ na modul 1 a bụ usoro mkpụrụ ụda mmụbawanye nsiniwu. Ọkpụrụkpụ ihe ndị ị ga-agụ gbasara mmepụta, ebumnobi, njirimara na nsogbu nke atụtụ a. Atụtụ usoro mkpụrụ ụda mmụbawanye nsiniwu so n’atụtụ ndị ahụ na-enyocha ọdịdị ụda asụsụ.

E nwere ike ịkọwa amụmamụ mkpụrụ ụda dị ka ọmụmụ ụda okwu, nke na-arụtụ aka na nkesa na usoro ha. Ọ bụ ịmụ usoro ụda. Site na nke a, anyị na-ekwu ka ụda okwu si emebe onwe ha ma na-ejikọkwa ya n’asụsụ maka ịghọta ihe ọ pụtara. N’ikpeazụ, Sommerstein (1977:1), n’akwụkwọ ya, *Modern Phonology*, na-ekwu, na “ọdịdị ụda asụsụ na-atụle ụzọ e si eji ụda na ngwe olu amata njirimara ọdịdị ụda, nke a kọwara site n’ọdịdị ụda asụsụ ahụ’’.

N’ikpeazụ, e nwekwara ike ịkọwapụta ọdịdị ụda asụsụ dị ka mmụta asụsụ, nke ndị na-ekwu okwu nwere, gbasara ọdịmara asụsụ ha dị mma, nke nkọwa ihe mmụta, nke onye na-amụ asụsụ

na-agbalị imepụta. Dị ka ọmụma atụ mkpọnimi /ŋ/ a chọpụtara na mkpụrụ okwu ndị na-akwụsị n’asụsụ Bekee dị ka ‘bring, sing’ anaghị apụta n’ọnọdụ mbụ na mkpụrụ okwu Bekee mana na Vịẹtnamiz, ọ na-ebido okwu. Ọ ga-esiri onye Vịẹtnam na-amụ Bekee ike ịkpọ /ŋ/ na mbido mkpụrụ okwu.

Nkegasị dị na modul 1 gụnyere:

Yunit 1: Iji atụtụ usoro mkpụrụ ụda mmụbawanye nsiniwu amụ mkpụrụ ụda

Yunit 2: Ebumnobi atụtụ usoro mkpụrụ ụda mmụbawanye nsiniwu

Yunit 3: Njirimara atụtụ usoro mkpụrụ ụda mmụbawanye nsiniwu

## YUNIT 1: Iji atụtụ atụtụ usoro mkpụrụ ụda mmụbawanye nsiniwu amụ mkpụrụ ụda

Ndịna

1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna kpọm kwẹm
    3.1 Mmepụta atụtụ usoro mkpụrụ ụda mmụbawanye nsiniwu
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Nrụmaka/Ngụmi

## 1.0 Mkpọlite

Amụmamụ usoro mkpụrụ ụda nwere mmasị n’etu ụda si anọchi ibe ha na otu e si ahazi mkpụrụ ụda n’asụsụ. Ọ na-elebakwa anya n’agba usoro mkpụrụ ụda dị iche iche tụmadị agba ụda olu na nke mkpụrụ edide

A tụpụtara atụmatụ amụmamụ usoro mkpụrụ ụda mmụbawanye nsiniwu n’ihi mpere nkọwa ysiri ụda ọdịbala nwere. Ndị bidoro usoro amụmamụ a bụ Chomsky na Halle, ndị bipụtara ọtụtụ

nchọpụta n’usoro ya. Halle buru ụzọ bipụta nchọcha ya n’afọ 1959, 1962 na 1964. N’afọ 1968, Chomsky bipụtara nchọcha o mere gbasara usoro ọdịdị ụda asụsụ Bekee. Chomsky na Halle (1968, 1969) wubere usoro amụmamụ mkpụrụ ụda mmụbawanye nsiniwu na Bekee. Usoro a ghọrọ ihe nlere anya n’ọtụtụ akwụkwọ e dere n’ịkọwa usoro mkpụrụ ụda ọtụtụ asụsụ. Ọ gbadoro ụkwụ ịkọwa iwu na-eme ka otu ọdịdị ụda gbanwega n’ụdịdị ụda ọzọ.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha yunit a, ị ga-enwe ike:

- kọwaa ihe usoro amụmamụ mkpụrụ ụda mmụbawanye nsiniwu bụ
- depụta usoro amụmamụ mkpụrụ ụda mmụbawanye nsiniwu
- gosipụta ka e siri tụpụta usoro amụmamụ mkpụrụ ụda mmụbawanye nsiniwu

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Mmepụta usoro amụmamụ mkpụrụ ụda mmụbawanye nsiniwu

Tupu a malite usoro amụmamụ mkpụrụ ụda mmụbawanye nsiniwu, amụmamụ usoro ụda dị bụ nke usoro amụmamụ mkpụrụ ụda ọdịnala. N’agba a, mbọ a gbara bụ ịghọta ọdịdị mkpụrụ ụda. Sommerstein (1977) na-akọwa na amụmamụ mkpụrụ ụda asụsụ, n’oge ahụ, na-agba mbọ ịza ajụjụ ndị a :

i. Gịnị bụ mkpụrụ ụda asụsụ?
ii. Kedụ ihe na-eweta mkpị iche na mkpụrụ okwu abụọ ma ọ bụ karịa?

N’agba amụmamụ ọdịnala, e lebara anya n’ụdị mkpụrụ ụda na-eweta mkpị iche n’okwu abụọ ma ọ bụ karịa yiri onwe ha tinyere ebe ha nọ na mkpụrụ okwu. Ịma atụ, mkpụrụ ụda nwere ike ịnọ n’otu ọnọdụ na mkpụrụ okwu ma weta ndịmiche n’echiche okwu ndị ahụ, d.k.

1. a. dean
   b. mean
   ch. lean

Na 1, ihe wetara mkpị iche n'okwu atọ ndị a bụ mkpụrụ bu ụzọ. Okwu nke ọ bụla n'okwu ndị a nwere ihe ndị ọzọ nwere. E nwekwara ike inwe mkpụrụ ụda a n'etiti mkpụrụ okwu abụọ ma ọ bụ karịa

2. a. mite

   b. mine

   ch. mice

Na 2, ihe wetara ndịmiche n'echiche okwu ndị a bụ mkpụrụ ụda dị n'etiti. Ha bụ 't', 'n' na 'c'. Na 3, mkịatara mkpị iche bụ mkpụrụ ụda dị na njedebe okwu ndị a:

3. a. fan
   b. fat
   c. fan

Sommerstein (1977:63) na Chomsky (1964) rụrụ ụka na ụdị usoro amụmamụ mkpụrụ ụda enweghi nkọwa miri emi. Ihe nke a pụtara bụ na ha nwere ike ịdị mma n'ịkọwa asụsụ nsere n'elu, mana ọ nweghi ike ịkọwa nke ọma ihe n'agba ala ụtọ asụsụ ahụ. Ha na-esi agụgọ na atụtụ ụtọ asụsụ usoro mkpụrụ ụda kwesiri ịkọwali ihe kpatara ọdịdị ụda dị aṅaa si gbanwee bụrụ ụdịdị ụda ọzọ (hụ Halle 1959, 1962, 1964 na Halle & Chomsky 1968 maka ngụmi).

### Nnwale onwe 1

- Gịnị bụ mkpị iche?
- Gịnị na-akpata mkpị ihe?
- Olee ụdịrị amụmụ usoro mkpụrụ ụda tupu e nwee usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu?
- Kedu edemede abụọ e ji wube usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu?

## 4.0 Mmechi

Usoro amụmamụ mkpụrụ ụda ụda bụ alaka sayensị asụsụ, nke na-amụ maka ụda okwu. Ihe dịkarịchara mkpa n'amụmamụ a bụ mkpụrụ ụda asụsụ. Mkpụrụ ụda asụsụ bụ ụda pekarịchara, nke nwere ike iweta ndịmiche na nghọta mkpụrụ okwu abụọ ma ọ bụ karịa yitewere onwe ha. Amụmamụ mkpụrụ ụda nwekwara mmasị n'ịmata ụdị ụda ndị ahụ na-eweta ihe dị iche na mkpụrụ okwu abụọ ma ọ bụ karịa na etu e si ahazi ha n'asụsụ. Ọ na-elebakwa anya na mgbanwe na-adị mgbe e ji mkpụrụ ụda asụsụ ndị a ekwu okwu. Atụtụ amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu bụ atụtụ etu ọdịdị mkpụrụ ụda si agbanwe n'ime ka asụsụ dazie mgbe a na-ekwu okwu.

## 5.0 Nchịkọta

Usoro amụmamụ mkpụrụ ụda asụsụ ọdịnala bụ usoro amụmamụ usoro mkpụrụ ụda dị adị tupu ndị ọka mmụta achọpụta usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu. Ndị ọka mmụta asụsụ dị iche iche nwere mmasị ịghọta ọdịdị mkpụrụ ụda. Otu n'ime ndị ọka mmụta ndị a bụ Sommerstein. Sommerstein (1977) kọwara na usoro amụmamụ mkpụrụ ụda ọdịnala lebara anya n'ụdị mkpụrụ ụda na-eweta mkpị iche n'okwu abụọ ma ọ bụ karịa yiri onwe ha, tinyere ebe ha nọ na mkpụrụ okwu. Sommerstein (1977:63) na Chomsky (1964) kọchara usoro amụmamụ mkpụrụ ụda nke ọdịnala. Ha rụrụ ụka na o nwere ike ịkọwa naanị ụdịdị agba elu mkpụrụ ụda ma ọ gaghị akọwali phe mere n'agba ala ụtọ asụsụ tupu e nweta ihe e kwupụtara. Ihe nke a pụtara bụ na usoro nkọwa ọdịnala nwere ike ịdị mma n'ịkọwa nsere elu asụsụ, mana ọ gaghị enwe ike ịkọwa ihe mkpụrụ ụda gabigara mgbe a na-ekwu okwu.

## Ihe omume

a. Gịnị bụ usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu?
b. Olee usoro kpatara e ji tụpụtụ atụmatụ usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu ?

ch. Desita ahụ ndị nchọcha atọ usoro wubere amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu.

## 6.0 Nrụmaka/Ngụmi

Chomsky, N. & Halle, M. (1968). *Sound pattern of English.* MIT: Harper & Row.

Halle, M. (1959). *The sound pattern of Russian*. The Hague: Mouton.

Halle, M. (1962). Speech Sound and Seọuences. *Proceedings of the 4th International Congress of Phonetic Sciences*. Mouton, The Hague, ihu 428-434.

Halle, M. (1964). Phonology in generative grammar. In Fodor & Katz

Halle, M. (2003). Phonological Features. Na Frawley, W.J. (Ọhz.). *International encyclopedia of linguistics*. New York: Oxford University Press. ihu 314-320.

Sommerstein, A. (1977). *Modern phonology*. London: Edward Arnold.

## YUNIT 2: Mbunobi usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu

Ndịna

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 Mbunuche usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nrụmaka/ngụmi

### 1.0 Mkpọlite

Mbunuche usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu bụ ịghọta etu nwa ọhụrụ si amata ọdịdị ụda mkpụrụ asụsụ epum ya. Site n'iji usoro ọmụmụ mkpụrụ ụda, e lebara anya n'etu usoro mmata asụsụ nwa ọhụrụ si emetụta etu o si asụ asụsụ. Ndị ọka nchọcha na-arụ ụka na-ekwu na atụtụ asụsụ kwesiri inwe ike kọwata ụdịdị asụsụ.

Nke a bụ otu n'ime mbọ izizi nke ndị na-akwado usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu, ya bụ, idepụta ma kọwaa iwu ụtọ asụsụ, nke ga-akọwali ụdịdị usoro ụda asụsụ. N'imekupụta nke a, e nwere agba naabọ: agba ala, agba mgbanwe na agba elu. Agba elu bụ ebe a

na-akpọpụta mkpụtụ ụda ka e si anụta ya na ntị. Mana agba ala ụda asụsụ bụ ebe ụda nsina chi na-ewere ọnọdụ ya n'ọgbara ụda. N'agbata agba ala na agba elu ụda, a na-enwe mgbanwe dị iche iche, nke na-agbaso iwu ụtọ asụsụ n'ime ka ụda nsina chi gbanwee ghọrọ ụda nnụrụ-na-ntị. Usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu na-agba mbọ idepụta iwu usoro ụda, ndị na-akpata mgbanwe site n'ọdịdị mkpụrụ ụda ghọrọ mkpụrụ ma ọ bụ nwa, nke mkpụrụ ụda.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha yunit a, ị ga-enwe ike:

- kọwaa mbunuche usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu
- gosi mmetụta ụtọ asụsụ na usoro amụmamụ mkpụrụ ụda
- kọwapụta echiche ndị ga-enyere aka ịmụ usoro mkpụrụ ụda

## 3.0 Ndịna kpọm kwem

### 3.1 Mbunuche atụtụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu

Ihe nlere anya, nke usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu, bụ imepụta iwu, ndị na-akọwa ọdịdị na ụdịdị ụda asụsụ. E chere na onye ọ bụla na-asụ asụsụ nwere ngwa mmụta asụsụ nke na-ebudo usoro asụsụ ọ na-asụ. Chomsky na-arụ ụka na ndị na-asụ asụsụ ọ bụla bu ụtọ asụsụ ahụ n'isi ma jiri ya na-ewube ihe ha na-asụ. Goldsmith na Larks (2014) tụpụtara usoro amụmamụ mkpụrụ ụda nsiniwu ndị a:

1. iwepụta ụdị usoro ụda asụsụ zuru ezu.
2. ntụgharị usoro na nhazi iwu ụda asụsụ n'imepụta asụsụ.
3. ngosipụta ndokọ ụda
4. nchịkwa iwu usoro ụda

### Nnwale onwe 1

a. Dee maka abụọ n'ime echiche anọ n'usoro ọmụmụ usoro mkpụrụ ụda.

b. Olee afọ e depụtara echiche anọ ndị ahụ?

ch. Kedu ndị chepụtara echiche anọ ndị ahụ?

## 4.0 Mmechi

Ọdịdị ụda asụsụ na-achọpụta ihe dị iche n'ụda dị iche iche, ya na nsoro ha na-eso na mmepụta okwu. Ebumnobi usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu bụ ịghọta ọdịdị asụsụ na etu nwa ọhụrụ si amata ya. E lebara anya n'ịchọpụta ihe a mare nke na-ebute ka mmadụ si asụ asụsụ.

## 5.0 Nchịkọta

Na nchịkọta, ihe a mụrụ na yunit a bụ usoro ụbụrụ na-asụ asụsụ si arụ ọrụ. Chomsky rụrụ ụka sị na ndị na-asụ asụsụ na-etinye usoro ụtọ asụsụ ha, nke ha bu n'isi n'ihe ha na-asụ. N'ịkwado Chomsky, Goldsmith na Larks (2014) gara n'ihu tụpụta atụmatụ anọ pụrụ iche a na-agbaso n'ịkpọpụta na ịhazi usoro ụda asụsụ. Echiche anọ ndị a bụ iwepụta ụdị usoro ụda asụsụ zuru ezu, ntụgharị usoro na nhazi iwu ụda asụsụ n'imepụta asụsụ, ngosipụta ndokọ ụda na nchịkwa iwu usoro ụda

## Ihe omume

a. Kọwaa mbunuche usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu.
b. Olee ka ụtọ asụsụ si ewube usoro ụda?
ch. Depụta ihe anọ ga-enye aka n'ịmụ amụmamụ mkpụrụ ụda nsiniwu.

## 6.0 Nrụmaka/Ngụmi


Chomsky, N. & Halle, M. (1968). *Sound pattern of English.* MIT: Harper & Row.

Clark, J., Yallop, C. & Fletcher, J. (2007). *Introduction to phonetics and phonology (mbgh nke 3).* London: Blackwell.

Odden, D.A. (2013). *Introducing phonology.* Cambridge: Cambridge University Press.


## YUNIT 3: Njirimara amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu

Ndịna

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna  kpọm kwẹm

3.1 Njirimara amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu

3.2 Nsogbu n’usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nrụmaka/Ngụmi

## 1.0 Mkpọlite

Usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu bụ ihe ọmụmụ malitere site n’usoro iwu na-arụ ụka na ụtọ asụsụ bụ ntọnala asụsụ, nke metụtara ụda na mpụtara ụda dị ka (Chomsky na Halle, 1968:3) siri kọwaa. Ha kwenyekwara na e nwere ọtụtụ ihe dị n’ụtọ asụsụ, nke gụnyere amụmamụ usoro mkpụrụ ụda. Clark na Yallop (1999) na-ekwu na Chomsky na Halle gbadoro ụkwụ n’akụkụ mkpụrụ edide, nke na-ebughi ụda olu. Ịma atụ, ha nyere agwara ụda ume elu ihu [i] dị ka  +nkeji okwu, -mgbochi ume, +nnwemolu, +elu, wdg.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha yunit a, ị ga-enwe ike:

a. kọwaa njirimara usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu.
b. depụta nsogbu dị n’usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu.
ch. kọwaa uru amụmamụ usoro mkpụrụ ụda bara.

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Njirimara usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu

1. Usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu nwere akara iwu ụfọdụ:

Usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu nwere ụfọdụ akara iwu, nke e ji gosi etu mkpụrụ ụda si agbanwe n'ọnọdụ ụfọdụ, d.k.

4. [-ńgèlé] → [+nnwemolu]/-[+nnwemolu]

Iwu 4 pụtara na mkpụrụ ụda na-abụghị ụda ngele (sọnọrant) na-agbanwe bụrụ mkpụrụ ụda nnwemolu ma ọ bụrụ na mkpụrụ ụda na-esote ya bụ ụda nnwemolu (Clark & Yallop, 1999:134). Iwu ndị ọzọ nke jeneretiivu fonọlọji bụ

5. [-ńgèlé] →ịnnwemolu]/[+nnwemolu]-[+nnwemolu]

Iwu 5 na-akọwa na mkpụrụ ụda na-abụghị ụda ngele na-agbanwe bụrụ ụda nnwemolu ma ọ dịrị n'etiti mkpụrụ ụda abụọ nwere ndamolu.

2. Iji akara nnwemagwara na enwemagwara

Chomsky na Halle (1968) na-eji akara obe [+] egosi agwara, nke mkpụrụ ụda nwere ma were akara uhie [-] egosi agwara nke mkpụrụ ụda na-enweghi, ma ọ bụ ha abụọ [ $\pm$ ] iji gosi mkpụrụ nwere ike ma ọ bụ ghara inwe agwara ọ bụla.

3. Nkọwa ngalaba nwere otu agwara ma ọ bụ ọtụtụ agwara

N'igosi agwara ndị mkpụrụ ụda nwere, a na-eji njiakpọ nke/ndị nke e ji akpọpụta ya bụ ụda, d.k.

6. Ụda ngele [+ngele]
   Ụda lịị [+lịị +nnwemolu]
   Mkpụrụ ụda enwe olu [-nnwemolu]
   Ụda ume [+nkeji okwu -mgbochi ume]
   Ụda ume elu [+nkeji okwu, -mgbochi ume, +elu]
   Ụda ume ala [+nkeji okwu, -mgbochi ume, -elu]
   Ụda ume azụ [+nkeji okwu, -mgbochi ume, +azụ +okirikiri]
   Ụda ume ihu [+nkeji okwu, -mgbochi ume, -azụ]

4. Iji akara dị iche iche gosi oke dị iche iche

Ọmụmụ usoro mkpụrụ ụda na-ejikwa akara dị iche iche egosi nnwemagwara dị iche iche. A na-eji akara obe [+] egosi agwara, nke mkpụrụ ụda nwere. N'aka nke ọzọ, a na-eji akara H ma ọ bụ akara

obe [+] ekesa mkpụrụ echiche. A na-etinye akara H abụọ [HH] ekewea oke mkpụrụ okwu ma jiri akara H atọ [HHH] ekewa ahịrị okwu.

7. [+mgbochi ume]→[-nnwemolu]/-H
   [+nkeji okwu, -mgbochi ume]→[+elu]/-HH

5. E nweghi nkọwa iwu ụfọdụ dị ka e gosiri n'iwu ndị a:

8. M→[+nnwemolu]/ụda ume-ụda ume

Mgbochi ume gbanwere bụrụ nnweolu n'etiti ụda ume abụọ

9. Mgbochi ume → [ụda mpụta]/ụda ume - ụda ume.

   Mgbochi ume na-agbanwe bụrụ ụda ume n'etiti ụda ume abụọ.

10. [i/ị → e/-rM]

Ụda ume [ị/i] na-agbanwe ghọrọ [e] n'ihu ịr], nke mgbochi ume na-esote.

11. i→e/-rM

Ụda ume 'i' na-agbada ghọrọ 'e' mgbe 'r', nke mgbochi ume dị n'ihu ya, na-esote.

**Nnwale onwe 1**

### 3.2 Nsogbu dị n'usoro amụmamụ mkpụrụ ụda nsiniwu

1. ịkọwapụta ihe banyere nzumoke, nke dị na nghọta si n'echiche. Usoro amụmamụ usoro mkpụrụ ụda asụsụ kpalitere nkọha na ntụpụta atụtụ ndị ọzọ.

2. Nsogbu ịghọta ndịna mkpụrụ ụda. Ọgbara iwu ndịna usoro mkpụrụ ụda na-ahịa ndị na-amụ usoro mkpụrụ ụda ike tụmadị gbasara ọdịdị ụda, mgbanwe ụda na ụdịdị ụda a na-akpọpụta.

Ọ bụ nsogbu ndị a dị n'usoro ụda Bekee kpalitere [chọ usoro amụmamụ na nkọwa ụda ndị ọzọ na 1970 ha. Atụtụ amụmamụ ụda, ndị ọghọm usoro mmụbawanye nsiniwu kpalitere gụnyere: usoro nsekasị ọdịdị mkpụrụ ụda, atụtụ akụkụ ndịnonwe na nke usoro ntụ mịta.

**Nnwale onwe 2**

a. Gịnị kpalitere usoro nsekasị ọdịdị mkpụrụ ụda?

b. Depụta iwu mgbanwe ọdịdị na ụdịdị mkpụrụ ụda atọ.

## 4.0 Mmechi

Usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu abụọ bụ ihe ọmụmụmalitere site na usoro iwu wee na-arụ ụka na ụtọasụsụ bụ usoro iwu metụtara ụda na mpụtara ụda dịka (Chomsky na Halle, 1968:3) siri kọwa. Ha nwekwara echiche na e nwere ọtụtụ ihe dị n'ụtọasụsụ, nke gụnyere akụkụ fonọlọji.

## 5.0 Nchịkọta

Iji chịkọta ihe a mụrụ na yunit a, njirimara usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu bụ na o nwere ụfọdụ akara iwu, nke e ji egosi na otu ụdị mkpụrụ ụda nwere ike [gbanwe n'ọnọdụ ụfọdụ; e ji akara nnwemagwara akọwa agwara, ndị mkpụrụ ụda nwere na ndị o nweghi; a na-egosikwa akụkụ njimakọ, ndị e ji akpọpụta mkpụrụ ụda; e jikwa akara dị iche iche egosi oke mkpụrụ ụda, mkpụrụ okwu na ahịrị okwu. E nwere mperi dị n'usoro amụmamụ mkpụrụ ụda nsiniwu nke kpalitere [chọwa atụtụ nkọwa usoro mkpụrụ ụda ndị ọzọ n'afọ 1970 hà. Ha gunyere: usoro nsekasị mkpụrụ ụda, atụtụ akụkụ ndịnonwe na atụtụ nkọwa mkpụrụ ụda n'usoro ntụ mịta.

## Ihe omume

a. Depụta njirimara usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu abụọ?

b. Kedụ otu nsogbu, nke usoro amụmamụ mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu nwere?

ch. O nwere uru iji iwu kewaa ọgbara mkpụrụ okwu bara?

## 6.0 Nrụmaka/Ngụmi

Chomsky, N. & Halle, M. (1968). *Sound pattern of English.* MIT: Harper & Row.

Clark, J., Yallop, C. & Fletcher, J. (2007). *Introduction to phonetics and phonology (mbgh nke 3)*. London: Blackwell.

Crystal, D. (2008). *A dictionary of linguistics and phonetics (mbgh nke isii)*. London: Blackwell.

## MODUL 2: AMXMAMX USORO, NKE MKPỌPXTA MKPXRX XDA

Na modul 1, ị mụrụ maka atụtụ usoro mmụbawanye mkpụrụ ụda nsiniwu. N'ebe ahụ, ị gụrụ banyere ụdịdị, mmepụta, ebumnobi, njirimara na nsogbu ya. Ị hụkwara na nkọwa mkpụrụ ụda nsiniwu so n'otu ụzọ, nke e si enyocha ọdịdị ụda asụsụ. Na modul a, ị ga-amụzị maka usoro mkpụrụ ụda. E nwere ike ịhụ usoro ihe ọmụmụ dị ka usoro ndị ahụ na-akọwa iwu, nke ọdịdị na ụdịdị ụda, mgbe a na-ekwu okwu. N'amụmamụ usoro mkpụrụ ụda ndị a, mkpụrụ ụda nwere ike ghara [gbanwe, gbanwee n'ụdị ọnọdụ dị iche iche.

Usoro ọdịdị mkpọpụta mkpụrụ ụda, ndị a ga-eleba anya n'ebe a gụnyere:

1. Olilo
2. Ndapụ ụda
3. Mkpafanye ụda
4. Ntụnworịta ụda
5. Mkpọso

Usoro ndị a dị n'elu mejupụtara nkegasị dị na modul 2. Ọ pụtara na e nwere nkegasị ndị a :

Yunit 1: Olilo
Yunit 2: Ndapụ ụda
Yunit 3: Mkpafanye ụda
Yunit 4: Ntụnworịta ụda
Yunit 5: Mkpọso
Yunit 6: Iwu ụdịdị ụda

## YUNIT 1: Olilo

### Ndịna

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 Nkọwa na ụdịdị olilo ụda ume

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nrụmaka/Ngụmi

## 1.0 Mkpọlite

Nke a bụ amụmamụ usoro mkpọpụta mkpụrụ ụda nke a na-ahụta mgbe a na-ekwu okwu ọsịịsọ. Olilo ụda na-apụta ihe mgbe mkpụrụ ụda nọsobere mkpụrụ ụda ọzọ mere ka nke ahụ nọdebere ya gbanwee yie ya.

Olilo ụda ume nọ ọdụ ka isi a hụrụ kwaba okpu n'olilo ụda asụsụ. Ọ bụ otu njirimara usoro akpọmakpọ ụda, nke na-apụta ihe n'asụsụ ọ bụla. Olilo ụda ume bụ mgbe otu ụda ume weghaara agwa ụda ume ọzọ, nke ya na ya nọdewere n'okwu. O nwere ụdịdị atọ. Ha bụ olilo ihu, olilo azụ na olilo mmakọ.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha yunit a, ị ga-enwe ike:

- depụta mgbe olilo ụda ume ji apụta ihe na mkpụrụ okwu
- kọwaa ụdịdị olilo ụda ume e nwegasịrị
- nye ọmụma atụ olilo ụda dị iche iche

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Nkọwa na ụdịdị olilo

Olilo ụda ume bụ mgbe otu ụda ume n'ime ụda ume abụọ nọdebere onwe ha mere ka ibe ya yie ya mgbe a na-ekwu ọsịịsọ. Ọ bụrụ na otu ụda ume mee ka nwa nne ya yie ya, ha abụọ na-eyi tụmadị na mkpọpụta. Ọ dị mkpa ikwu na ụda ume na-elo ibe ya apụtaghị na ụda ume ahụ e loro

adịkwaghị adapụta ihe. Ọ bụ naanị mgbe a na-ekwu okwu ngwa ngwa ka a na-enwe olilo ụda. Mana mgbe a chọrọ ide okwu ahụ, a na-ede ya etu ọdịdị chi ya si dị.

ude$^1$+i$^2$si → udiisi (n’okwu ọsịịsọ)

Mana n’odide, ọ na-abụ: *ude isi.*

akwụ$^1$+o$^2$ru → akwooru (n’okwu ọsịịsọ)

O rue n’odide, ọ bụrụ: *akwụ oru.*

E lee anya n’ọmụma atụ ndị a dị n’elu, a ga-achọpụta na ọ bụ ụda ume ‘2’ na-elo ụda ume ‘1’. E nwere ụzọ olilo atọ n’usoro mkpọpụta ụda. A na-esite n’ụzọ olilo aba ya aha. Ikekeọnwụ na ndị ọzọ (1999:26) gosipụtara ụzọ atọ ndị a dị ka:

12. A B

olilo ihu →

13. A B

olilo azụ ←

14. A B

CH

olilo mmakọ →↓←

## Ụdịdị Olilo

### Olilo ihu

Ụdị a na-apụtakarị ihe n’ụda ume. Nke a bụ ebe ụda ume nke dị na njedebe mkpụrụ okwu, nke mbụ mere ka ụda ume malitere mkpụrụ bidoro mkpụrụ okwu nke abụọ yie ya. E nweghi ezigbo ọmụma atụ olilo ihu n’Igbo izugbe; nke a bụ n’ihi na a naghị agbaso usoro ikwu okwu ọkụ ọkụ ede ihe odide, ịma atụ,

15. a. ndị + a → ndị ị

b. onye + a → onye e

ch. ebe + a → ebe e

d.okwu + a → okwu u

e.ego + a → ego o

**Olilo azụ**

Ọnọdụ a bụ ebe mkpụrụ ụda na-eme ka mkpụrụ ụda dị n'azụ ka o dị ka ya onwe ya. Ọtụtụ oge, a na-ahụta ya mgbe ụda ume bidoro mkpụrụ okwu nke abụọ na nkeji ahịrị okwu mere ka mkpụrụ ụda kpe azụ na mkpụrụ okwu, nke izizi dị ka ya onwe ya Dị ka ọ dị n'ọtụtụ asụsụ, olilo azụ dị ọtụtụ n'Igbo, d.k.

16. a. anya+ oke → anyo oke

b. ụlọ+ elu → ụleelu

ch. ndị+ ọcha → ndọọcha

d. isi + oche →isooche

e. elu + igwe→ eliigwe

f. anya + ọkụ→ anyọọkụ

**Olilo mmakọ**

Olilo mmakọ bụ mkpụrụ ụda abụọ jụrụ na ọ dịghị nke ga-eko ibe ya; ha na-ekwekọe[ta ka ha tinye ụda ọzọ dị n'agbata ha abụọ ka mkpọpụta ha gaa were were (hụkwa Emenanjọ, 1978, Mbah & Mbah, 2010), d.k.

17. a. isi ewu → /isijewu/

b. ụdịrị ụlọ → /ʊdịrịjʊlɔ/

**Xdịdị olilo mkpụrụ ụda**

Olilo nwere ike ịbụ nke nlocha ma ọ bụ nlofọ.

**Olilo nlocha**

Nke a bụ mgbe ụda na-elo ibe ya site n’ime ka ọ gbanwuo ọdịdị ya ma yie ya kpam kpam, d.k.

18. a. mma ekwu→ mme ekwu

b. onye ọma→ onyọ ọma

ch. nwa oke→ nwo oke

d. akwa ọgazị →akwọ ọgazị

**Olilo nlofọ**

Nke a bụ ọnọdụ, ebe mkpụrụ ụda, nke na-elo ibe ya na-agbanwe ọdịdị ya site n’ime ka a kpọpụta ya n’ebe mkpọpụta naanị, n’agbanweghi usoro mkpọpụta ya ndị ọzọ, d.k.

19. a. ṅ + k →nk

b. ṅ+m → mma

ch. ṅ+t → nt

Na 19, mkpụrụ ụda, nke bu ụzọ ma bụrụ myiri ụda ume bụ ụda imi mkpọnazụ akpo ‘ṅ’. Etu o sila dị, mgbe ụda na-eso ya bụ ụda mkpọnegbugbere, ‘ṅ’ na-agbanwe bụrụ ‘m’; ọzọ kwa, ọ bụrụ ụda mkpọnihu akpo na-eso ya, ọ na-agbanwe ebe mkpọpụta ya ma ghọzie ‘n’. Xmụ ụda ‘m’, ‘n’ na ‘ṅ’, n’usoro edide, bụ otu ụda ‘ṅ’ ahụ. Ebe mkpọpụta ụda na-eso ya loro ebe mkpọpụta ya, mana ọ gbanweghi ọdịdị ya; ya kpatara o ji wee olilo nlofọ.

**Olilo nwere ike ịbụ olilo ụda ume ma ọ bụ nke mgbochi ume.**

**Olilo ụda ume:** Nke a na-eme mgbe ụda ume gbanwere ụda ume ibe ya ma mee ka o yie ya (hụ ihe atụ 18).

**Olilo mgbochi ume:** Nke a bụ mgbe mgbochi ume mere ka mgbochi ume nọdebere ya yie ya; hụ ihe atụ 19.

## Nnwale onwe 1

a. Depụta ụdịdị olilo akara ndị a zipụtara:

i. . A → B

ii. A ← B

iii. A → ← B
↓
CH

## 4.0 Mmechi

Olilo ụda ume bụ mgbe otu ụda ume n'ime ụda ume abụọ dịkọrọ ọnụ gara azụ ma ọ bụ ihu mee ka ibe ya yie ya. Ọ bụrụ na otu ụda ume  loo ibe ya, ọ na-eweghara ụdịdị ụda ume nke o loro na mkpọpụta. E nwere ụdịdị olilo ụda ume atọ n'Igbo. Ha bụ: olilo ihu, olilo azụ na olilo mmakọ. Mbah na Mbah (2010) kọwara olilo mmakọ dị ka ụdị olilo, ebe ụda abụọ enweghi ike ilo ibe ha ma 'kwekọrịta' iwebata ụda okwu ọzọ yiri ha iji mee ka mkpọpụta ha gaa were were. Ihe atụ dị 17.

## 5.0 Nchịkọta

Ọ bụ na nkwupụta okwu ọsịịsọ ka a na-ahụta olilo ụda. Mana a bịa n'odide, a naghị egosipụta olilo ụda. A bịa n'olilo mmakọ, ụda ume abụọ nọ nso na-akwụdoro onwe ha ma kwekọrịta itinye /j/ n'etiti ha abụọ.

### Ihe omume

a. Kedụ ụdịdị olilo pụtara ihe n'olilo ndị a dị n'okpuru?

i. ụlọ elu → ụleelu

ii. isi ewu → isijewu

iii. ebe + a → ebe e

## 6.0 Nrụmaka/Ngụmi

Ezeuko, R.O. & A.E. Chira. (2005). *Fonetiiks na fonọlọjị Igbo.* Awka: Kristophel Publishers.

Ikekeọnwụ, C.I., Ezikeojiakụ, P.A., Ụbanị, A. & Ugọjị, J. (1999). *Fọnọlọjị na grama Igbo*. Ibadan: University Press PLC.

## YUNIT 2: Ndapụ ụda

Ndịna

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 Ndapụ mkpụrụ ụda asụsụ

3.1.1 Ndapụ ụda ume

3.1.2 Ndapụ mgbochi ume

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nrụmaka/Ngụmi

### 1.0 Mkpọlite

Nke a bụ usoro ụdịdị ụda, nke gụnyere ndepụ mkpụrụ edide ụda ma hapụ ndebe ma ọ bụ ụda olu ya na mkpụpụta ya. Ndapụ mkpụrụ ụda asụsụ bụ mgbe a na-akpọpụtaghị mkpụrụ ụda asụsụ dị n'ime mkpụrụ okwu n'odide mana ndebe olu na ụda olu ka ahagidere n'okwu ahụ. Xda ndebe ma ọ bụ nke olu a ka ahapụrụ bụ ihe na-enye okwu ahụ e depụrụ akụkụ ya echiche. Olilo ụda metụtara okwukwu okwu ọsịịsọ ebe ndapụ ụda metụtara odide okwu ede. E nwere ndepụ ụda ume na ndepụ mgbochi ume. Ka e lebazịa anya na nkega ndị na-esote.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha yunit a, ị ga-enwe ike:

- kọwaa ihe ndapụ ụda ume bụ.
- kọwaa ihe ndapụ mgbochi ume bụ.
- nye ọmụma atụ ndapụ mkpụrụ ụda asụsụ n'okwu.

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1Ndapụ mkpụrụ ụda asụsụ

E kewara ndapụ mkpụrụ ụda asụsụ ụzọ abụọ. Ha bụ ndapụ ụda ume na ndapụ mgbochi ume.

### 3.1.1 Ndapụ ụda ume

Nke a bụ ụdị ndapụ maọbụ nhichapụ metụtara nhichapụ ụda ume. Ndapụụda ume bụ mgbe a kpọpụtaghịụda ume dị na mkpụrụ okwu. A na-enwe ndapụụda ume ebe ụda ume jedebere mkpụrụ okwu mbụ na ụda ume malitere mkpụrụ okwu nke abụọnọdewere onwe ha, ịma atụ,

20 a. nwa + oke → nwoke (ndapụ 'a')

b.nwa + afọ → nwafọ (ndapụ 'a')

ch. ụsọ + ekwu → ụsekwu (ndapụ 'ọ')

d. oke + afọ → okafọ (ndapụ 'e')

e. ndị+ ọbịa→ ndọbịa (ndapụ 'ị')

f. isi + okwe → isokwe (ndapụ 'i')

A ga-amata na okwu ndị a enweghi ezigbo mkpọpụta ma a gbasoro usoro ndepụta ha kpọpụta ha. N'agbanyeghi ka e si dee ha, onye Igbo ọ bụla ga-etinyekwa ụda olu kwesiri nkeji ahịrị okwu ndị a. Ya kpatara e ji asị na ọ gbasara naanị odide okwu Igbo.

### 3.1.2 Ndapụ mgbochi ume

Nke a bụ ụdị ndapụ ma ọ bụ ndepụ metụtara mgbochi ume.

21. Iwu ndepụ: C→ϕ/-ị+ụda imi] H

Nkọwa: A na-edepụ mgbochi ume n'ebe ụda imi na-eso ụda ule elu ihu n'okwu.

Ndapụ mgbochi ume bụ mkpọpụta, nke a na-akpọpụtaghị ụda mgbochi ume ebe e kwesiri ka a kpọpụta ya na mkpụrụ okwu. Ọ bụ mgbe mkpụrụ ụda asụsụ mgbochi ume dapụrụ na mkpụrụ okwu mgbe a na-akpọpụta ya ọsọ ọsọ, ịma atụ:

22. a. akpụkpọ → aụkpọ (ndapụ 'kp')
    b. ajụjụ → aụjụ (ndapụ 'j')
    ch. ehihie → eihie (ndapụ 'h')
    d. ọtụtụ→ ọụtụ (ndapụ 't')
    e. osisi → oisi (ndapụ 's')
    f. azịza → aịza (ndapụ 'z')

Dị ka ọ dị n'olilo ụda, a naghị anabata ide ndapụ ụda n'usoro odide Igbo izugbe.

### 3.1.3 Ndapụ nkeji okwu

Nke a bụ ụdị ndapụ ma ọ bụ ndepụ mkpụrụ okwu, d.k.

23. a. akpụkpọ → akpọ
    b. atịtị → atị
    ch. akwụkwọ → akwọ

### Nnwale onwe 1

1. Depụta ọmụma atụ ndapụ ụda ume ise.
2. Depụta ndapụ mgbochi ume ise.

Mata: Ọmụma atụ ga-adị iche na ndị e nyerela na nkụzi a.

## 4.0 Mmechi

Ndapụ pụtara mgbe a na-akpọpụtaghị ụda kwesiri na a ga-akpọpụta na mkpụrụ okwu. Ọ na-apụtakarị ihe na mgbochi ume.

## 5.0 Nchịkọta

Ndapụ ụda ume na-abụkarị mgbe e nwere ụda ume jedebere mkpụrụ okwu nke mbụ na ụda ume malitere mkpụrụ okwu nke abụọ dịdewere onwe ha. Ya bụ na ndapụ ụda ume na-abụkarị n'ókè mkpụrụ okwu. Ọ dị mkpa ịmata na a naghị enwe ndapụ ụda-ume ebe ụda ume jedebere mkpụrụ okwu nke mbụ mgbochi ume amalite mkpụrụ okwu nke abụọ. Mana ndapụ mgbochi ume na-abụ n'ime mkpụrụ okwu.

### Ihe omume

Kedụ mkpụrụ ụda asụsụ ndị dapụrụ na mkpụrụ okwu ndị a ?

a. aka + eze → akeze

b. ụsọ + ekwu →ụsekwu

ch. oke + afọ → okafọ

d. ndị+ ọbịa → ndọbịa

## 6.0 Nrụmaka/Ngụmi

Ezeuko, R.O. & A.E. Chira. (2005). *Fonetiiks na fonọlojị Igbo.* Awka: Kristophel Publishers.

Ikekeọnwụ, C.I, Ezikeojiakụ, P.A. Ụbanị, A. & Ugọjị, J. (1999). *Fọnọlọjị na grama Igbo.* Ibadan: University Press PLC.

## YUNIT 3: Mgbakwụnye ụda

Ndịna

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 Mgbakwụnye ndịnime na ndịn’etiti

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nrụmaka/Ngụmi

### 1.0 Mkpọlite

Mkpafanye ụda bụ usoro ụdịdị ụda, ebe a na-agbakwụnye otu mkpụrụ ụda ma ọ bụ karịa. Mkpụrụ ụda, nke a na-agbakwụnye nwere ike ịbụ mgbochi ume ma ọ bụ ụda ume. Anyị ga-ahụta ọmụma atụ n’asụsụ Bọntọk, asụsụ ndị Filipins, d.k. Gleason (1955) sin ye ihe atụ.

24. fikas ‘si ike’ → f**um**ikas ‘Ọ na-esizi ike’

kilad ‘ọbara ọbara’ → k**um**ilad ‘Ọ na-adịz[ ọbara ọbara’

Fusal ‘iro’ → f**um**usal ‘Ọ na-aghọz[ onye iro’

Na Bọntọk, a na-akpafanye ‘-um-’ n’ime okwu bụ nkọwa iji mee ya ka ọ bụrụ ahịrị okwu. Ihe e tinyere ebe a bụ mgbakwụnye ndịnime. Mgbakwụnye ndịnime bụ mgbakwụnye mkpụrụ echiche ndabe, nke dị n’ime mkpụrụ okwu, nke akụkụ ya naabọ n’eyighi. Nke a adịkebeghi n’Igbo. Nke a bụ ndịmiche n’etiti ndịnime na ndịnetiti. Na ndịnetiti, a na-akwụnye ‘mkpụ ụda’ n’ime akụkụ okwu abụọ yiri onwe ha, d.k.

25. a. ede + -r- +ede → ederede

b. agụ+ -m- + agụ → agụragụ

ch. iji+ -l- + iji → ijiliji

d. ogo + -l- + ogo → ogologo

e. alị+ -gh- + alị → alịghalị

N'ebe a, mkpụrụ ụda, nke a gbakwụnyere, '-r-', '-m-', '-l-' na '-gh-' dị n'etiti okwu, ndị mpaghara ha naabọ bụ otu. Mgbakwụnye ụda bụ otu n'ime njirimara mwube okwu, mgbe a na-etinye mgbakụnye ụda n'ime mkpụrụ okwu ebe ọ na-adịbughi.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha yunit a, ị ga-enwe ike:

- ideta mgbe mgbakwụnye ụda ji apụta ihe na mmebe okwu
- inye ihe atụ mgbakwụnye ụda

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Mkpafanye ụda

Usoro ebe a na-etinye mkpụrụ ụda n'ime mkpụrụ okwu, ebe ọ dịbughi maka ịkpọpụtazi mkpụrụ ma ọ bụ ọgbara okwu ka a na-akpọ mkpafanye ụda. Usoro a na-apụtakarị ihe n'okwu mbite nakwa na nkeji ahịrị, ịma atụ:

26. a. skuul → sukul → skulu

b. brẹẹd → bụrẹd → brẹdị

ch. stoov → sitov → stovu

Igbo nwere ike ịgbaso usoro atọ hazie mkpọpụta okwu, ndị e si na Bekee gbazite. Na 26, ị ga-ahụ na mkpafanye ụda metụtara okwu mbite. N'ihi na okwu Bekee ndị e bitere nwere ọyọ mgbochi ume, nke usoro akpọmakpọ Igbo na-enweghi, Igbo nwere ike itinye ụda ume n'etiti ọyọ mgbochi ume ka ọ gbasoro usoro ewumewu akpọmakpọ Igbo (lee usoro mbite, ndị dị n'etiti). Ndị wara

anya nwere ike ịkpọpụtakwa ọyọ mgbochi ume ndị a; na 26, lee nhazi okwu ndị izizi na ikpeazụ. Etu o sila, otu iwu, megidere nhazi ọ bụla, bụ na Igbo ga-etinye otu mkpụrụ ụda mbutu n'ebe ọ bụla e nwere ọyọ mgbochi ume. I lee anya na 26, nke ọ bụla n'ime ha nwere nkeji okwu abụọ n'ụzọ nhazi atọ ndị a ebe Bekee nwere naan[ otu nkeji okwu.

Na mkpọpụta ahịrị okwu Igbo, e nwere ebe a na-etinye mkpafanye ụda. Ọ bụghị naanị ụda ume ka a na-etinye n'etiti mgbochi ume abụọ iji mee ka ọ daba n'ọdịdị nkeji okwu asụsụ Igbo. N'ihi nke a, a ga-akọwa ụda mkpafanye dị ka ụda ọ bụla e tinyere na mkpụrụ okwu iji mee ya ka o kwe mkpọpụta ọsịịsọ. Oge ụfọdụ, a na-akpafanye ụda ume, na ụda olu. Lee ihe atụ ndị a:

27. a. Chukwu + ka → Chukwúùkà.
    b. ije + di → íjèédī
    ch. Chike + nwere → Chikéènwèrè

Mkpafanye ụda n'ebe a na-abụ n'ebe e nwere ndịmiche n'ụda olu, nke nkeji okwu ikpeazụ na ụda olu nkeji izizi n'okwu na-esote ya. Ọ bụrụ na e nweghi ndịmiche n'ụda olu na nkeji okwu ndị a, a gaghị enwe mkpafanye ụda olu.

**Nnwale onwe 1**

Depụta okwu mbite ise, ndị nwere mgbochi ume ọyọ, ma hazie ụzọ atọ, ndị Igbo nwere ike iji hazie mgbazite ha.

## 4.0 Mmechi

Mkpafanye ụda bụ usoro mkpụrụ ụda, ebe a na-ewere ụda tinye n'okwu iji mee ka o kwe mkpọpụta ọsịịsọ.

## 5.0 Nchịkọta

Mkpafanye ụda na-apụtakarị ihe n'okwu mbite, ebe a na-etinye ụda ume n'etiti mgbochi ume abụọ iji mee ka ọ daba n'ọdịdị usoro nkeji okwu asụsụ Igbo. Ọ bụghị naanị ụda ume ka e ji ezipụta mkpafanye ụda. Oge ụfọdụ, a na-akpafanye ụda ume na ụda olu. Mgbe ọ bụla a kpafanyere ụda

olu, a mara na ụda olu, nke mkpụrụ ụda nkeji okwu, nke jedebere okwu nke mbụ na ụda olu nkeji mkpụrụ ụda asụsụ, nke bidoro okwu nke abụọ abụghị otu.

**Ihe omume**

a. Gịnị bụ mkpafanye ụda ?
b. Nye ọmụma atụ mkpafanye ụda ume atọ.
ch. Gịnị dị iche na mgbakwụnye ụda na mkpafanye ụda ?

## 6.0 Nrụmaka/Ngụmi

Ikekeọnwụ, C.I., Ezikeojiakụ, P.A., Ụbanị, A. & Ugọjị, J. (1999). *Fọnọlọjị na grama Igbo*. Ibadan: University Press PLC.

Gleason, H.A. (1955). *An introduction to descriptive linguistics*. New York: Holt, Rinehart and Wilson.

Anagbọgụ, P.N., Mbah, B.M. & Eme, C.A. (2010). *An introduction to linguistics.* Awka: Amaka Dreams Ltd.

## YUNIT 4: Ntụnworịta ụda

Ndịna

1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna kpọm kwẹm
    3.1 Ntụnworịta ụda
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Nrụmaka/Ngụmi

## 1.0 Mkpọlite

Ntụnworịta ụda dị ka mwogharị ụda. Ụda abụọ dị n'otu mkpụrụ okwu na-agbanwerịta ọnọdụ ha na mkpụrụ okwu ahụ. Mkpụrụ ụda 1 ga-ewere ọnọdụ mkpụrụ ụda 2, ebe mkpụụ ụda 2 ga-ewere ọnọdụ mkpụrụ ụda 1. Mana ọ dị mkpa ịrụtụ aka na a naghị anabata okwu ntụnwo n'izugbe asụsụ.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha yunit a, ị ga-enwe ike:

- kọwaa ihe ntụnworịta ụda bụ.
- kpọpụta ụdịdị ntụnworịta ụda dị iche iche.
- depụta ụfọdụ mgbakwụnye na-arụ ọrụ na ntụnworịta ụda.

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Ntụnworịta ụda

Nke a bụ usoro ọmụmụ, nke ngalaba abụọ dị n'akụkụ na-agbanwere ọnọdụ ha n'okwu.

Lee ọmụma atụ ntụnworịta ụda n'asụsụ Bekee:

28.a. ask → aks

b. flask → flaks

ch. disc → diks

d. mask →maks

e. certificate →cerfiticate

**Asụsụ Igbo**

29. a. osikapa → osipaka

b. ezi icheke → ezi ikeche

ch. asa mpete → asa ntepe

### Nnwale onwe1

Dee ọmụma atụ ntụnworịta ụda abụọ i chepụtara n'asụsụ Igbo, ndị na-esoghi na ndị dị n'elu.

## 4.0 Mmechi

A bịa n'akpọmakpọ oge ụfọdụ, ndị mmadụ na-akpọhie mkpụrụ ụda asụsụ abụọ nọdewere onwe ha nso. Ihe a na-akpọọnọdụ dị etu a bụ ntụnwọrita ụda. Ọ bụ nke a ka ị mụrụ maka ya na yunit a.

## 5.0 Nchịkọta

Ntụnworịta ụda so n'usoro ọdịdị ụda asụsụ na-apụta ihe n'asụsụ mba ụwa. Na yubit a, e nyere ọmụma atụ ya na Bekee nakwa n'Igbo.

### Ihe omume

a. Gịnị bụ ntụnworịta ?
b. Kpọpụta ụdịdị ntụnworịta ụda dị iche iche ị ma

## 6.0 Nrụmaka/Ngụmi


Clark, J., Yallop, C. & Fletcher, J. (2007). *Introduction to phonetics and phonology (3rd edition)*. London: Blackwell.

Ezeuko, R.O. & Chira, A.E. (2005). *Fonetiiks na fonọlojị Igbo.* Awka: Kristophel Publishers.

Ikekeọnwụ, C.l, Ezikeojiakụ, P.A. Ụbanị, A. & Ugọjị, J. (1999). *Fọnọlọjị na grama Igbo*. Ibadan: University Press PLC.


# YUNIT 5: MKPỌSO

Ndịna

1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna kpọm kwẹm
    3.1 Mkpọso dị iche iche
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta

6.0 Nrụmaka/Ngụmi

## 1.0 Mkpọlite

Mkpọso ụda bụ mkpọpụta ụda ndabe, mgbe a na-akpọpụta ụda mbọsu. Mgbe a na-akpọpụta mkpụrụ ụda kwụrụ onwe ya (ụda mbọsu), e nwere ike ịkpọso ya ụda ọzọ, nke dabere na nke mbọsu; ụda ndabe a akwụrụghị onwe ya.

Uru ọ bara bụ imepụta mkpị iche, nke e ji amụbata okwu n'asụsụ. Ịma atụ, ụda mbọsu kwụrụ onwe ya. A kpọpụta naanị ụda mkpọso, ọ ghara ịdabe n'ụda ọzọ, ọ na-akwụkwaara onwe ya dị ka nke mbọsu, d.k. Mkpụrụ ụda /k/ kwụụrụ onwe; mkpụrụ ụda /w/ kwụkwaara onwe ya. Mana mgbe a kpọsoro /k/ ụda /w/, ihe a ga-enweta bụ /k$^w$/. Site n'ịkpọso mkpụrụ ụda /k/ ụda /$^w$/, e nweta mkpụrụ ụda ọzọ kwụụrụ onwe ya.

E nwere ọtụtụ mkpọso n'Igbo. E nwere mkpọso n'egbugbere /k$^w$a, g$^w$e/, mkpọso n'akpo /b$^j$a, p$^j$a/ -, mkpọso n'akpịrị /ɦ$^j$a/ 'f[ọ' na mkpọso n'imi, d.k. /r̃e/ 'kpọ ọkụ'

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha yunit a, ị ga-enwe ike:

- kọwaa ihe mkpọso bụ
- nye ọmụma atụ mkpọso e nwegasịrị

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Mkpọso dị iche iche

E nwere ụdị mkpọso dị iche iche. Ha bụ:

**Mkpọnegbugbere**

Nke a bụ mkpọso egbugbere ọnụ okirikiri na mkpọpụta mkpọ ụda mbọsu. Akara mkpọnegbugbere bụ /$^w$/, d.k.

30. a. /ag$^w$a/ - ụdị akịdị
    b. /ak$^w$a/ - ogodo
    ch. /ah$^w$ɔ/ - afọ
    d. /al$^w$a/ - nnọọ

**Mkpọnakpo**

Nke a bụ mkpọli ihu ire elu mgbe a na-akpọpụta ụda mbọsu. Akara mkpọnakpo bụ /ʲ/, d.k.

31. a. /pʲa/ - ‘tie’

b. /bʲa/ - ‘kpụkete nso’

ch. /ɦʲa/ - ‘ra/f[ọ’

d. /lʲa/ - ‘dọ’

e. /lʲɔ/ - ‘kpọ mkpu’

**Mkpọnume**

Nke a bụ oke nlebara anya azụ ire na mkpọzu. Akara maka mkpọnakpọ ime bụ /ɫ/. Mkpọnakpọ ime na-apụtakarị ihe n’asụsụ Bekee, d.k.

32. ịmiɫk] - ‘milk’

ịkiɫt] - ‘kilt’

[giɫt] – ‘guilt’

**Mkpọnume**

Nke a na-apụta ihe mgbe a chọrọ ịkpọpụta ụda ọnụ; ọdụ akpo, nke mechiri emechi, na-emeghe n’ike; ikuku na-esi n’ọnụ na n’imi adapụta ozigbo; nke a mere na ụda ọnụ ahụ gbanwere. Mkpọnume na-apụta ihe n’olu Isuikwuatọ na Ụmụuchu.

| 33. Olu Isuikwuatọ | Mpụtara na Bekee |
|---|---|
| /tʊ/ | ‘ma’ (d.k. iche)’ |
| /tʰʊ/ | ‘zi ka e gote ihe’ |
| /te/ | ‘ma’ (d.k. ude)’ |
| /tʰe/ | ‘rụ (d.k. ụkwụ)’ |
| /ta/ | (zụzụ, d.k. anụ) |
| /tʰa/ | ‘kwa ngara-mara’ (d.k. ụta) |

| 34. Olu Ụmụuchu | Mpụtara na Bekee |
|---|---|
| /pá/ | bu (d.k. ibu) |
| /pʰá/ | pị (d.k. aka) |
| /tá/ | zụzụ (d.k. anụ) |
| /tʰá/ | ‘kwa ngara-mara’ (d.k. ụta) |
| /tʊ́/ | nyefe oke (d.k. ụtụ) |
| /tʰʊ́/ | ‘gba’ (d.k. ụtụ) |
| /kʊ́/ | me (d.k. n’ụzọ) |
| /kʰʊ́/ | zọnye (d.k. akụkụ) |

| | |
|---|---|
| /ké/ | kụ (d.k. ọkpọ n'isi) |
| /kʰé/ | 'pịachi' (d.k. nkụ) |

**Mkpọnimi**

Nke a bụ iwetụlata ọdụ akpo, mgbe a kpọpụta ụda izizi; ikuku mkpọpụta na-asọbafe n'uji ọnụ na n'uji imi, d.k.

| 35. Osuowere | Mpụtara na Bekee |
|---|---|
| /sá/ | 'dọrọ adọrọ' |
| /s̃á/ | 'chacha' (d.k. afere) |
| /sɔ̀/ | 'ghara ịnabata' (d.k. nnu) |
| /s̃ò/ | 'y[' |
| /ʃí/ | te (d.k. ofe) |
| /ʃ̃í/ | 'chi' (d.k. ichi) |
| /ɦʊ́/ | 'be' (d.k. mma) |
| /ɦ̃ʊ́/ | 'rụ' (d.k. n'ọkụ) |
| /rá/ | 'mịcha' (d.k. aka) |
| /r̃á/ | 'kwa iko' |
| (si n'Obi, 1997) | |

| 36. Ụmụuchu | Mpụtara na Bekee |
|---|---|
| /vʊ̀/ | 'bụ' (d.k. akpụ) |
| /ṽʊ̀/ | 'mụ' (d.k. uriom) |
| /sʊ/ | 'sa' (d.k. akwa) |
| /s̃ʊ̀/ | 'kpocha' (d.k. ahịhịa) |
| /zʊ/ | 'tụ mgbere' (d.k. ahịa) |
| /z̃ʊ̀/ | 'gbazi' (d.k. nwa) |
| /ʃìé/ | 'si' (d.k. ofe) |
| /ʃ̃ìé/ | 'ko' (d.k. ukoro) |
| /ʒìé/ | 'zi' (d.k. ozi) |
| /ʒ̃ìé/ | 'kwacha' (d.k. imi) |
| /ɦá/ | 'fa' |
| /ɦ̃á/ | 'zo' (d.k. mmiri) |
| /ré/ | 'tụ' (d.k. mgbere) |
| /r̃é/ | 'gba' (d.k. ọkụ) |
| (si n'Okorji, 1999) | |

## Nnwale onwe 1

Were mkpụrụ okwu abụọ abụọ zipụta mkpọso ndị a:

a. Mkpọnegbugbere

b. Mkpọnakpo

ch. Mkpọnume

d. Mkpọnimi

## 4.0 Mmechi

Mkpọso, n'ọdịdị ụda asụsụ, bụ ịkpọ ụda ndabe mgba a na-akpọpụta ụda nnọọrọ onwe.

## 5.0 Nchịkọta

E nwere mkpọso dị iche iche n'asụsụ Igbo mana ndị kara see elu bụ mkpọnegbugbere, mkpọnakpo, mkpọnume na mkpọnimi.

### Ihe omume

a. Kedụ ihe ị ghọtara bụ mkpọso?
b. Kọwaa ọmụma atụ mkpọso atọ?

## 6.0 Nrụmaka/Ngụmi

Ezeuko, R.O. & Chira, A.E. (2005). *Fonetiiks na fonọlojị Igbo.* Awka: Kristophel Publishers.

Nkamigbo, L. C. (2014). Nasalization, aspiration and labialization in Igbo dialect phonology. *SKASE journal of theoretical linguistics*, Slovakia. 11 (2): 59-67. Na http://www.skase.sk/Volumes/JTL26/indeụ.htmland *http://www.skase.sk/journals.html*

Obi, E. M. C. (1997). The domain of nasalization and aspiration in Osuowere. Arụmarụ nzere B.A., Mahadum Naijirịa, Nsụka.

Okorji, R.I. (1999). Modification of some consonantal segments in Umuchu dialect of Igbo: A phonemic evaluation. *Nsukka journal of the humanities*, 10, ihu 227-236.

Ugwu, B.E. (1987). Some phonological features of the northern Igbo dialects, *Olu journal*, 1, ihu 7-14.

# YUNIT 6: IWU ỤDỊDỊ ỤDA

Ndịna

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 Ihe kpatara anyị ji amụ iwu ụdịdị ụda

3.2 Ọrụ nke iwu ụdịdị ụda n'ụtọ asụsụ

3.3 Ụdị usoro iwu ụdịdị ụda

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nrụmaka/Ngụmi

## 1.0 Mkpọlite

Iwu ụdịdị ụda bụ ụzọ a na-esi akọwapụta usoro ihe ọmụmụ ma ọ bụ ọdịdị mkpụrụ asụsụ ma ọ bụ mgbanwe ụda olu na mgbanwe dị n'asụsụ. Ha na-akọwa mgbanwe, nke were ọnọdụ n'agba ala okwu tupu a kpọpụta agba elu ya.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha yunit a, ị ga-enwe ike:

c. kọwaa ihe kpatara anyị ji amụ iwu ụdịdị ụda
d. depụta ebe ụdịdị ụda na iwu ụtọ asụsụ jekọtara
e. kọwaa ụdị usoro iwu ụdịdị ụda e nwere

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1Ihe kpatara anyị ji amụ iwu ụdịdị ụda

Iwu ụdịdị ụda dị n'ihi na asụsụ nwere ụkpụrụ izugbe, nke na-egbochi usoro mkpọpụta ụda ịdị iche otu site n'ibe ya. Iwu ndị a na-akọwapụta mgbanwe, ndị na-emetụta ọdịdị mkpụrụ ụda ka e wee nweta ụdịdị ụda, nke a na-akpọpụta. N'ihi nke a, ihe e ji iwu ụda asụsụ bụ ịkọwa mgbanwe ndị a dị n'etiti agba ala na agba mkpọpụta ụda na ịmata mkpatụta o nwere n'okwu e mepụtara. Ịma atụ, na Bekee, e nwere ihe mgbochi na:

A. Usoro mgbochi nwere ike ọ gaghị adị iche na njirimara olu ha na njedebe okwu.

37. ịkasb] ihe mgbochi abụọ ikpeazụ bụ [-nnwemolu][+nnwemolu]

ịkabs] ihe mgbochi abụọ ikpeazụ bụ [+nnwemolu] [-nnwemolu]

N'ihi na mkpụrụ ụda mgbochi abụọ kpe azụ anaghị adịghị iche n'ikwu okwu, e nwere ike ịnabata 'kasb' na 'kabs' dị mkpụrụ okwu na Bekee. Etu a ka ọ dị n'ụfọdụ okwu n'Igbo, ịma atụ:

38. a. akana - 'nkọlị'

b. agana - 'nkọlị'

ch. ọna - ụd ji

d. ụna - ụdị ji

Na 38, a nabatara okwu ndị a naabọ n'agbanyeghi na ha dị iche; nke a bụ n'ihi na ebe mkpọpụta /k g/, na /ɔ/ na /ʊ/ bụ n'otu ebe. Iwu ndịkọ ụda na-ekwu na ụda abụọ na-anọkọ ekwesighi ịdị iche n'ebe na n'otu mkpụpụta. Na 38, e si n'otu ebe akpọpụta mgbochi ume dị iche; na 38ch na 38d, ụda ume dị iche bụsị ụda ume elu azụ ire.

Na Mbah na Mbah (2010), e nwere iwu mkpọpụta ụda, nke kọwara nke a:

39. a. ṅb → mb - (d.k. [ɱma])

b. ṅt → nt - (d.k. ịnta])

ch. ṅg → ṅg - (d.k. [ŋga])

N'agbanyeghi na otu mkpụrụ ụda imi ka e nwere na 39, ọ na-agbanwe site n'etu ebe mkpọpụta ụda, nke na-eso si dị. /b/ bụ ụda egbugbere; /t/ bụ ụda ihu akpo ebe /g/ bụ ụda azụ akpo. N'ihe ọnọdụ ndị a, 'ṅ' gbanwere site n'etu ebe mkpọpụta ha si dị, ya bụ, [ɱ], ịn], na [ŋ]. Mana o doro anya na ha atọ bụ ụmụ otu mkpụrụ ụda /ŋ/. E nwere iwu ụdịdị ụda, nke gosipụtara nke a, d.k.

40. [+Mgbochi ume + ụda imi → [+ihu ire+ag[ga ire+azụ akpo] /-[+ihu+mgbochi ume - ụda ume]

Iwu 40 na-akọwa na mkpụrụ ụda bụ mgbochi ume na ụda imi (ma ọ bụ myiri ụda ume) na- agbanwe bụrụ ụda, nke a na-akpọpụta n'ihu ire, ag[ga ire ma ọ bụrụ na mkpụrụ ụda na-esote ya bụ ụda ihu ire, mgbochi ume n'abụghị ụda ume.

**A. Ọrụ iwu mmụbawanye ụdịdị ụda n'ụtọ asụsụ**

1. Iwu gbasara mmụbawanye ụdịdị ụda na-akọwa ụzọ doro anya mmetụta na ọrụ iwu a na-agbaso iji wube ụtọ asụsụ.

| | | | |
|---|---|---|---|
| 41. Ngosipụta nhazi mkpụrụ ụda | /ta ↓ | so ↓ | ro/ ↓ |
| Iwu mkpọnume | $t^h$a | | |
| Iwu mkpọnimi | | s̃ò | |
| Iwu ndakọrịta ụda ume | | | ro |

N'ebe a, ngwaa nhaa nwere mkpọnume. Mkpọnimi na ndakọrịta ụda ume: [$t^h$ as̃òro] '[ta ụta soro ebe dị aṅaa]'

2. Ọ na-enyere aka ịmata ụda, ndị nwere otu agwara, d.k

42. /p b/ /t d/

N'ebe a, /p b/ bụ ụda egbugbere ọnụ ebe /t d/ bụ ụda ihu akpo. N'aka nke ọzọ, ha niile bụ ụda ọnụ na ụda ike. Ọzọ kwa, /p/ na /t/ ụda enwemolu ebe /b/ na /d/ bụ ụda nnwemolu.

3. Ọ na-enye aka egosi etu mkpụrụ ụda si agbanwe, mgbe ọ na-eso mkpụrụ ụda dị a]aa, d.k.

43. Mgbochi ume [+ụda ume]→[+mkpọnimi]/-[+ụda imi, mgbochi ume] mgbochi ume

43 na-akọwa na mkpụrụ ụda ụda ume na-agbanwe bụrụ mkpọnmi mgbe ụda imi na-eso ya (maka ngụmi, hụ Hyman, 1975 na Mbah & Mbah, 2010, 2014)

## Nnwale onwe 1

1. Kọwaa ihe kpatara na okwu ndị a bụ okwu a nabatara n'Igbo:

a. ifite

b. ibite

ch. ibute

2. Depụta ụdịdị iwu mmụbawanye ụda atọ e nwere n'Igbo.

## 4.0 Mmechi

Iwu gbasara ụdịdị na mmụbawanye ụda na-akọwakarị etu ọdịdị ụda si agbanwe, mgbe ọ dị n'ọnọdụ mkpọpụta dị ańaa. Ọ na-akọwakwa n'ụzọ doro anya etu iwu ndị a si eso onwe ha na mmepụta okwu. Nke a na-akwado uru ọmụmụ ya bara n'ịmụ asụsụ.

## 5.0 Nchịkọta

Ihe ndị ị mụrụ na yunit a gụnyere iwu ụdịdị ụda e nwere. Ị mụkwara uru ịmụ ụdịdị ụda bara. N'ikpeazụ, a kụziri usoro ụdịdị iwu mmụbawanye mkịụrụ ụda n'Igbo.

**Ihe omume**

a. Olee ihe kpatara anyị ji amụ iwu ụdịdị ụda?

b. Kedu ebe ụdịdị ụda na iwu ụtọ asụsụ jekọtara?

ch. Olee uru atọ ịmụ iwu ụdịdị ụda bara?

## 6.0 Nrụmaka/Ngụmi


Chomsky, N. & Halle, M. (1968). *Sound pattern of English.* MIT: Harper & Row.

Fromkin, V., Rodman, R. & Hyams, N. (2011). *An introduction to language (mbgh nke 2).* Boston: Wadsworth Centage Learning.

Hyman, L. (1975). *Phonology : Theory and analysis*. New York. Harcourt Brace Jovanovich

Mbah, B.M. & Mbah, E. E. (2010). *Topics in phonetics ans phonology: Contribution from Igbo.* Nsukka: Paschal Communications

Mbah, B.M. & Mbah, E. E. (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ*. Nsukka: University of Nigeria Press Ltd

Oyebade, F. O. & Mbah, E.E. (2008). Moraic structure and lineation in oral poetry: A case study of Yoruba and Igbo folk Songs. *Nsukka journal of African languages and linguistics.*17, 133-143.

## MODUL 3: ỤDA OLU IGBO

Na modul a, ị ga-amụ gbasara ụda olu. N'asụsụ Igbo, ọ bụ ụda ume na myiri ụda ume na-ebu akara ụda olu. Ụda olu pụtara ogo olu, nke e jiri kpọpụta ụda ma ọ bụ ụda nkeji okwu. Ikekeọnwụ na ndị ọzọ (1999) kwupụtara na asụsụ ọ bụla na-enwe mgbanwe n'olu mkpọpụta ya. Nke a pụtara na o nweghi asụsụ a na-eji otu ụdị olu akpọpụta. Asụsụ ọ bụla nwere usoro ndanusoro mkpụrụ ụda okwu, nkebi okwu na ahịrị okwu ya.

N'asụsụ mba ụwa, a na-enwe ụdị ma ọ bụ ngalaba asụsụ abụọ site n'etu e si eji mgbanwe olu ha emebe echiche pụrụ iche. Ọ bụrụ na mgbanwe olu nwere ike iweta nghọta pụrụ iche n'etiti otu mkpụrụ okwu na ibe ya n'asụsụ, a na-asị na ọ bụ asụsụ ụda olu. N'aka nke ọzọ, ọ bụrụ na mgbanwe olu na-eweta nghọta pụrụ iche n'etiti ahịrị okwu na ibe ya ma ọ bụ n'etiti nkebi okwu na ibe ya, a na-asị na asụsụ dị etu a bụ asụsụ ndebe olu. N'asụsụ ndebe olu, a naghị ejikebe mgbanwe ụda olu emebe nghọta pụrụ iche n'etiti otu mkpụrụ okwu na ibe ya.

Ọtụtụ asụsụ mba Afrịka na ụfọdụ asụsụ mba Eshia, dị ka Ikekeọnwụ na ndị ọzọ (1999) dere, bụ asụsụ ụda olu. Igbo bụ asụsụ ụda olu. E ji akara ụda olu egosi ụdịrị ụda olu e ji akpọpụta nkeji okwu dị na mkpụrụ okwu dị iche iche. Yunit anọ dịna modul a. Ha bụ ndị a na-esote:

Yunit 1: Nkọwa na ụdịdị ụda olu

Yunit 2: Ọrụ ụda olu na-arụ n'asụsụ Igbo

Yunit 3: Ịkanye akara ụda olu na mkpụrụ edide

Yunit 4: Usoro nkanye akara ụda olu

## YUNIT 1: Nkọwa ụdịdị ụda olu

Ndịna

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

    3.1 Ụda olu na ụdịdị ya

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nrụmaka/Ngụmi

### 1.0 Mkpọlite

Ụda olu bụ olu ịrịgo, ịkpọda ma ọ bụ ịdada, mgbe a na-akpọpụta mkpụrụ ụda. Etu e siri kpọpụta mkpụrụ ụda okwu na-enye ya ụdị echiche o nwere. Akara a na-akanye iji gosi ogo olu ụda ka a na-akpọ akara ụda olu. Akara ụda olu nọ ọnọdụ ka mkpụrụ ụda ntụkwasị. Etu mkpụrụ edide asụsụ si enye echiche dị iche n’okwu ka ụda olu si enyekwa (hụ mkpị iche nsina ụda olu). Na modul a, e lebara anya na mpụtara ụda olu na ụdịdị ya, njirimara akara ụda olu, ụda chi na ụda nke ụtọ asụsụ, ọrụ akara ụda olu na-arụ na usoro nkanye akara ụda olu.

### 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha yunit a, ị ga-enwe ike:

c. kọwaa ihe ụda olu bụ
d. depụta ụdịdị ụda olu e nwere n’Igbo
e. mata mkpụrụ ụda asụsụ ndị na-ebu akara ụda olu n’Igbo

### 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Ụda olu na ụdịdị ya

E nwere ụdịdị akara ụda olu atọ n’Igbo. Lee ha:

akara ụda olu elu (′)

akara ụda olu ala (`)

akara ụda olu nsụda (¯)

Lee ihe atụ ha na mkpụrụ okwu:

44. a. ákwá – ‘ube’
ákwà – ‘uwe, ngwa myichi ahụ’
àkwà – ‘ngwa edine, ogodo’
àkwá – ‘eju ime uriom’

b. óké – ‘azụ anyị’
ókè – ‘ngige’
òkè – ‘orubere’
òké – ‘okerekwu’

d. ézē - ‘ngwa ịtari ihe’
ézè – ‘onye ndu’

e. ḿmā - ‘ihe ọma’
ḿmà – ‘ngwa ogbugbu ihe’

f. ígwē - ‘eze na-achị obodo’
ígwè – ‘e ji emepụta ihe dị ka ite ọla’
ìgwè – ‘ọtụtụ ihe’

Na mkpụrụ okwu ndị dị na ‘a-f’, ihe dị iche abụghị mkpụrụ edide nsụpe. Ọ bụ ụda olu. Mkpụrụ okwu ndị a niile nwere otu mkpụrụ edide nsụpe. Ihe e jiri nwee nghọta pụrụ iche na mkpụrụ okwu ndị ahụ bụ ndaghari ụda olu. Mgbe e ji ụda olu arụ ụdị ọrụ dị etu a, a na-asị na ọrụ ya bụ nke ụtọ asụsụ.

**Njirimara akara ụda olu**

a. Ụda olu elu na ụda olu ala nwere ike ịmalite okwu mana ụda nsụda enweghi ike ịmalite okwu Igbo kwụụrụ onwe ya.

b. Ụda olu elu na ụda olu ala nwere ike isote ụda ala mana ụda olu nsụda anaghị esote ụda olu ala.

ch. Ụda olu nsụda na-esote naanị ụda olu elu, ọ naghị esote ụda ala.

### Nnwale onwe 1

a. Ụda olu ole ka e nwere n'Igbo?
b. Kedụ ụda olu ndị nwere ike ịmalite okwu n'Igbo?

## 4.0 Mmechi

Igbo bụ asụsụ ụda olu. Ụda olu pụtara ogo olu, nke e jiri kpọpụta ụda okwu. Ya bụ, ogo olu mmadụ na-arịgo ma ọ bụ arịda n'ụda na-apụta mgbe a na-akpọpụta okwu. Ụda olu na-eweta mgbanwe na mkpụrụ okwu.

## 5.0 Nchịkọta

Ụda olu na-eweta nghọta dị iche iche n'etiti mkpụrụ okwu ndị nwere otu mkpụrụ edide nsụpe. Akara e ji egosi ogo olu ka a na-akpọ akara ụda olu. Ha dị atọ n'Igbo – akara ụda olu elu, akara ụda olu ala na akara ụda olu nsụda.

### Ihe omume

a. Kedụ ihe ụda olu bụ?

b. Olee mkpụrụ ụda asụsụ ndị na-ebu akara ụda olu n'Igbo?

## 6.0 Nrụmaka/Ngụmi

Emenanjọ, E.N. (1978). *Elements of modern Igbo grammar.* Ibadan: University Press Ltd

Ezeuko, R.O. & Chira, A.E. (2005). *Fonetiiks na fonọlojị Igbo.* Awka: Kristophel Publishers.

Ikekeọnwụ, C.I., Ezikeojiakụ, P.A., Ụbanị, A. & Ugọjị, J. (1999). *Fọnọlọjị na grama Igbo*. Ibadan: University Press PLC.

Mbah, B.M. (2018). *Generalised Igbo syntax*. Awka: Amaka Dreams Ltd.

Nwachukwu, P.A. (1995). *Tone in Igbo syntax*. Nsukka: Igbo Language Association.

## YUNIT 2: Ọrụ ụda olu na-arụ n'asụsụ Igbo

Ndịna

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 Ọrụ ụda olu na-arụ n'asụsụ Igbo

3.1.1Uru ụda olu bara

3.1.2 Ụda nsina chi mkpụrụ okwu na ụda usoro mkpụrụ okwu

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nrụmaka/Ngụmi

## 1.0 Mkpọlite

Ọ bụ ihe doro anya na ụda olu na-arụ ọrụ pụrụ iche n'Igbo. Nke a kachasị n'inye nghọta mkpụrụ okwu ndị mkpụrụ edide nsụpe ha bụ otu. Na yunit a, e lebara anya n'ọrụ dị iche iche ụda olu na-arụ tinyekwara ụda nsina chi mkpụrụ okwu na ụda nsina ụtọ asụsụ.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha yunit a, ị ga-enwe ike:

f. kwupụta ọrụ dị iche iche
g. kọwaa ihe ụda nsina chi mkpụrụ okwu bụ

h. kọwaa ihe ụda nsina ụtọ asụsụ mkpụrụ okwu bụ
i. inye ndịmiche dị n'etiti ụda nsina chi mkpụrụ okwu na ụda nsina ụtọ asụsụ

# 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

## 3.1 Ọrụ ụda olu na-arụ n'asụsụ Igbo

### 3.1.1 Uru ụda olu bara

Uru ụfọdụ ụda olu bara n'asụsụ Igbo dị ka Ikedịmma (2013) depụtara gụnyere:

a. Ụda olu na-eme ka nghọta dị n'ihe a na-ekwu. Ọmụma atụ:

45. 'Ndị a bụ ndị otu otu'.

E tinye akara ụda olu n'ahịrị okwu a, ọ ga-eme ka a mara kpọm kwẹm ihe okwuu bụ n'uche.

Lezie ya:

46. 'Ńdị ́à bụ ńdị ótū òtù'.

b. Ụda olu na-egosi ndịmiche dị n'etiti mkpụrụ okwu ndị nwere otu edide ma nwee nghọta na mkpọpụta dị iche, ịma atụ:

47. ísí
ísì
ìsì
ísī

ch. A na-eji ụda olu egosipụta nghọta mkpụrụ okwu nọọrọ onwe ya nwere, ya na nghọta mkpụrụ okwu ahụ nwere mgbe ọdị n'usoro okwu, d.k.

48. Ụda nsina chi — Ụda nsina ụtọ asụsụ

| | | |
|---|---|---|
| a. | ányá } | ányá élē |
| b. | élé } | |
| ch. | úkwú } | úkwū òròmá |
| d. | òròmá } | |

d. A na-eji ụda olu egosipụta ndịmiche dị n’etiti ahịrị okwu nkwusara na ahịrị okwu ajụjụ, d.k.

| | |
|---|---|
| 49. Ó rutere ébé à. | ahịrị okwu nkwusara |
| Ò rùtèrè ébé à? | ahịrị okwu ajụjụ |
| Ó sìrì ńrí. | ahịrị okwu nkwusara |
| Ò sìrì ńrí? | ahịrị okwu ajụjụ |
| Há gàrà íhé. | ahịrị okwu nkwusara |
| Hà gàrà íhé? | ahịrị okwu ajụjụ |

e. Nkanye akara ụda olu na-emekwa ka ihe mgbagwoju anya dị n’ihe a na-ekwu n’aka ndị nwe asụsụ na ndị na-amụ ya amụ pụọ. Mgbe ọgụụ kwudoro mkpụrụ okwu odee tinyere n’ederede, nke nwere ike site n’olu ndị odee ahụ, ọgụụ na-aghọta ya ma ọ bụrụ na a kanye akara ya ụda olu.

### 3.1.2Ụda nsina chi mkpụrụ okwu na ụda nsina ụtọ asụsụ

**Ụda nsina chi mkpụrụ okwu**

Nke a bụụda mkpụrụ okwu na-ada mgbe ọ kwụụrụ onwe ya,ya bụ, mgbe mkpụrụ okwu dị otu otu;ọ bụghị mgbe ọ dị n’ime ahịrị okwu,ịma atụ:

50 a. dí
b. òké
ch. ányá
d. ógó

**Ụda nsina ụrọ ụrọ asụsụ**

Nke a bụ ụda, nke mkpụrụ okwu na-enwe mgbe ọ dị n’usoro okwu. Ya bụ, mgbe ya na mkpụrụ okwu ọzọ nọsobere ọnụ n’ime ahịrị okwu. Ọ bụrụ na okwu nwere ụda nsina chi abata n’ime ahịrị okwu, mgbe ụfọdụ, ọ na-agbanwe, d.k.

51. a. Ézé ōké nà-àdị kịrịkịrị.
b. Ọ mara ḿmá na-ese okwu.
ch. Égó igwe adịzịghị ugbu a.
d. Achọrọ m ụkwụewū

**Nnwale onwe 1**

a. Gịnị bụ ụda nsina chi mkpụrụ okwu?

b. Gịnị bụ ụda nsina ụtọ asụsụ?

ch. Depụta uru atọ ụda olu bara.

## 4.0 Mmechi

E lebara anya n'ụfọdụ uru ụda olu bara n'asụsụ Igbo; a chọpụtara na ụda olu bụ isi a hụrụ kwaba okpu na mkpọpụta mkpụrụ okwu. Ọzọ kwa, a hụkwara na oge ụfọdụ, ọ bụghị ụda olu mkpụrụ okwu nwere mgbe ọ nọọrọ onwe ya ka ọ na-enwe mgbe ya na mkpụrụ okwu ndị ọzọ nọkọrọ ọnụ. Nnọkọ mkpụrụ okwu nwere ike ibute mgbanwe n'ụda olu mkpụrụ okwu. Mgbe ọ na-enye okwu kwụụrụ onwe ya echiche, ọ na-arụ ọrụ kemkpụrụ okwu mana mgbe ọ gbanwere ụda okwu dị n'ime ahịrị okwu, ọ na-arụ ọrụ keụtọ asụsụ.

## 5.0 Nchịkọta

Na nchịkọta, ụfọdụ uru ụda olu bara n'asụsụ Igbo bụ ndị a. Ụda olu na-eme ka nghọta dị n'ihe a na-ekwu. Ụda olu na-egosi ndịmiche dị n'etiti mkpụrụ okwu, ndị nwere otu mkpụrụ edide ma nwee nghọta na mkpọpụta dị iche. A na-eji ụda olu egosipụta nghọta mkpụrụ okwu, nke nọọrọ onwe ya nwere, ya na nghọta mkpụrụ okwu ahụ nwere mgbe ọ nọ n'usoro okwu. A na-eji ụda olu egosipụta ndịmiche dị n'etiti ahịrị okwu nkwusara na ahịrị okwu ajụjụ. Ụda olu na-emekwa ka ihe mgbagwoju anya dị n'ihe a na-ekwu n'aka ndị nwe asụsụ na ndị na-amụ ya amụ fosaa site n'ịkanye akara ụda n'okwu ahụ.

**Ihe omume**

a. N'uche gị, o nwere ndịmiche dị n'etiti ụda nsina chi mkpụrụ okwu na ụda nsina ụtọ asụsụ?

b. Were ọmụma atụ abụọ abụọ, nke gị, gosipụta ndịmiche dị n'etiti ahịrị okwu nkwusara na ahịrị okwu ajụjụ.

## 6.0 Nrụmaka/Ngụmi

Ikedịmma, E.C. (2013). Ụda olu na akara ụda olu. N'ime Ọgbalụ, U.J., Sam Ụzọchukwu & Chinedum Enweonye (Ọhz.). *Ọsụsụ, odịde na ọgụgụ Igbo*. Ihu 114-158. Ikosi-Ketu: Children World Publishers.

Ikekeọnwụ, C.I., Ezikeojiakụ, P.A. Ụbanị, A. & Ugọjị, J. (1999). *Fọnọlọjị na grama Igbo*. Ibadan: University Press PLC.

## YUNIT 3: Ịkanye akara ụda olu na mkpụrụ okwu

Ndịna

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 ỊKanye akara ụda oluna mkpụrụ okwu

3.1.1 Ihe ndị a ga-ebu n'uche gbasara akara ụda olu

3.1.2 Akara ụda olu na nkeji okwu

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nrụmaka/Ngụmi

### 1.0 Mkpọlite

O nwegasịrị ihe ndị kwesiri na a ga-amata mgbe ọ bụla a na-achọ ịkanye akara ụda olu. Na yunit a, e lebara anya n'ụzọ ihe abụọ. Ha bụ:

a. Ihe ndị a ga-ebu n'uche gbasara akara ụda olu

b. Akara ụda olu na nkeji okwu

### 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha yunit a, ị ga-enwe ike:

- mụta ụzọ e si akanye akara ụda olu
- mata ihe ndị ekwesighi ime mgbe a na-akanye akara ụda olu
- kanye akara ụda olu na mkpụrụ okwu dị iche iche

# 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

## 3.1 Ịkanye akara ụda olu na mkpụrụ okwu

### 3.1.1 Ihe ndị a ga-ebu n'uche gbasara akara ụda olu

i. A na-akanye akara ụda olu n'elu ụda-ume a, 'e', 'i', 'ị', 'o', 'ọ', 'u', 'ụ' na myiri ụda ume 'm' na 'n'.

ii. A naghị eji ụda nsụda ebido ịkanye akara ụda olu na mkpụrụ okwu nọọrọ onwe ya

iii. Ụda olu nsụda (N) anaghị eso ụda olu ala (A) n'okwu nọọrọ onwe ya.

iv. A ga-eji uche kerie mkpụrụ okwu na nkeji okwu ya ma kanye nkeji ọ bụla otu akara ụda olu.

v. A ga-amata na oge ụfọdụ, okwu mbite na-agbagha usoro nkeji okwu Igbo

### 3.1.2Akara ụda olu na nkeji okwu

Akara ụda olu na mkpụrụ okwu, ndị nwere nkeji okwu abụọ:

Ụda olu elu (E) na Ụda olu elu (E)

52. EE
    ésú
    íké
    ímí
    úkwú

    AA
53. àlà
    èlù
    èdò
    ìgbò

54. EN

ézē

égō

óhī

árṳ̄

55. EA

ídò

ézì

ákwaà

56. AE

èkú

àkwá

òké

Akara ụda olu na mkpụrụ okwu nwere nkeji okwu atọ:

57. EEE

ósísí

émúmé

ékíké

58. AAA

èbùbè

ìzìzì

òkùkò

## Nnwale onwe 1

Kanye akara ụda olu dabara adaba na mkpụrụ okwu ndị a dị n'okpuru:

a. ọnya - 'mkpakara'

b. ụdọ - 'eriri'

ch. nkwụkwụ - 'ijide'

d. ọgụ - ‘ngwa e ji akọ ugbo’

e. ọdịda – ‘nsikwa nri ọla’

## 4.0 Mmechi

E lebara anya n’ihe ndị kwesiri ka a mata mgbe ọ bụla ọ na-achọ ịkanye akara ụda olu. Ihe ndị ahụ bụ:

a. ihe ndị a ga-ebu n’uche gbasara akara ụda olu

b. akara ụda olu na nkeji okwu

### 5.0 Nchịkọta

A bịa na nkanye akara ụda olu na mkpụrụ okwu nwere nkeji okwu abụọ, a ga-enwe akara ndị a:

EE, AA, EN, EA, na AE

Ọ dị mkpa ịmata na a naghị enwe *AN. E nweghi ka e si asụdakwa bụ ụda ala. Akara ụda olu pụtara ihe na mkpụrụ okwu nwere nkeji okwu atọ bụ ndị a:

EEE, EEA. EAA, EAE, EEN, ENE, ENN, ENA, EAA, AEE, AEN, AEA, AAA (hụ Mbah na Mbah, 2010 maka ngụmi)

## Ihe omume

Olee akara ụda olu ole ka mkpụrụ okwu ndị a ga-enwe?

a. mmechi

b. nchịkọta

ch. ikwighikwighi

d. nnwale

e. okokobioko

## 6.0 Nrụmaka/Ngụmi

Ezeuko, R.O. & Chira, A.E. (2005). *Fonetiiks na fonọlojị Igbo.* Awka: Kristophel Publishers.

Ikedịmma, E.C. (2013). Ụda olu na akara ụda olu. N'Ọgbalụ, U.J., Sam Ụzọchukwu & Chinedum Enweonye (nhz.). *Ọsụsụ, odịde na ọgụgụ Igbo*. Ihu 114-158. Ikosi-Ketu: Children World Publishers.

## YUNIT 4: Usoro nkanye akara ụda olu

Ndịna

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 Ndị dị iche iche wepụtara usoro nkanye akara ụda olu

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nrụmaka/Ngụmi

### 1.0 Mkpọlite

Ndị ọka mmụta dị iche iche kwenyere na e nwere ụdị akara ụda olu atọ n'asụsụ Igbo. Ka o sila dị, ụbụbọ a na-akpa ugbu a bụ etu a ga-esi belata ọnụ ọgụ ha n'ederede. A hụtara ịkanye akara ụda olu niile dị ka nnukwu ọrụ, nke na-emekwa ka ịgụ ihe e dere ede hịa nnukwu ahụ. Mbah (1999, 2018) chịkọtara usoro nkanye akara ụda olu atọ e nwere n'ụta asụsụ Igbo.

### 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha yunit a, ị ga-enwe ike:

- mata ndị dị iche iche wepụtara akara nkanye ụda olu n'Igbo.
- kọwasị iwu nkanye akara ụda olu e nwegasịrị.

### 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

#### 3.1 Ndị dị iche iche wepụtara usoro nkanye akara ụda olu

Iji mee ka nkanye akara ụda olu dị mfe, ma mee ka ọgụgụ akwụkwọ agụmagụ Igbo dị mfe, ndị ọka mmụta n'ihe gbasara akara ụda olu wepụtara usoro nkanye ndị a:

**A. Usoro Williamson na Emenanjọ**

Ndị a wepụtara usoro nkanye akara ụda olu ndị a:

i. A gaghị akanye akara na mkpụrụ okwu, nwere naanị akara ụda olu elu, ịma atụ

59. ányá → anya
    étútó → etuto

ii. Kanye akara ụda olu n'ụdaala niile,ọmụma atụ:

60. àlà → àlà
    èdèrè → èdèrè

iii. A na-akanye akara n'ụdansụda niile. Lee ọmụma atụ:

61. érō→ erō
    íjīj̄ī → ijīj̄ī

**CH. Usoro R.C. Abraham**

Lee usoro ịkanye akara ụda olu nke Abraham wepụtara:

i.Nkeji okwu niile ndị nwere akara ụdaelu ga-adị na nnukwu mkpụrụ edemede. Ịma atụ:

62. ányá → ANYA
    étútó → ETUTO

iii. Nkeji okwu niile ndị nwere akara ụda nsụda ga-adị n'obere nnukwu mkpụrụ edemede ebe ndị nke ụda olu elu butere ya ụzọ ga-adị na nnukwu mkpụrụ edemede, ọmụma atụ:

63. érō →ERO
    íjīji¯→ IJIJI

iii. Nkeji okwu, ndị nwere akara ụda olu ala ga-adị n'obere mkpụrụ edemede, ịma atụ:

64. àkwà →ọna

èdò →edo

**D. Usoro Welmers, Green na Igwe, na Nwachukwu**

Iwu nkanye akara ụda olu nke Welmers na Nwachukwu bụ:

i. Na mkpụrụ okwu, nwere ótú ụdịdị ụda olu, a ga-akanye naanị akara nke mbụ, ịma atụ:

65. ékwúmékwú → ékwumekwu
    àkàrà → àkara

ii. N'ebe e nwere ngwakọrịta ụda olu, a ga-akanye naanị nke malitere otu ụdịdị ụda ọ bụla, ịma atụ:

66. ányá kà ḿkpà èlé → ánya kà ḿkpà elé
    Ìgbò àmáká. → Ìgbo amáka.

iii. Were akara ụda olu elu (´) gosi ụda olu elu na ụda olu nsụda. Mana ọ bụrụ na akara (´) abụọ na-eso onwe ha, nke mbụ bụ ụda olu elu, ebe nke abụọ bụ ụda olu nsụda.

67. íjījī → íjíji
    érō → éró
    ḿmírī → ḿmirí

## Nnwale onwe 1

a. Lee usoro nkanye akara ụda olu ndị a ma depụta onye ma ọ bụ ndị wepụtara ha:

i. áká → AKA ____________________________

ii. Ìgbò → Igbo ____________________________

iii. ósísí → ósisi ____________________________

iv. òménàlà → òménàla ___________________________

# 4.0 Mmechi

A hụtara  ịkanye akara ụda olu niile dị ka nnukwu ọrụ, nke na-emekwa ka ịgụ ihe e dere ede hịa ahụ. Etu a ga-esi belata nhịamahụ a na-enwe na nkanye akara ụda olu n'ozuzu oke bụ ihe kpaliri ndị ọka mmụta iwepụta ụdịdị usoro a ga-agbaso, mgbe a chọrọ ịkanye akara ụda olu n'Igbo.

## 5.0 Nchịkọta

E wepụtara iwu nkanye akara ụda olu Igbo iji belata ọnụ ọgụ akara ụda olu na-apụta ihe n'ọgụgụ na odide Igbo. Ndị ọka mmụta n'ihe gbasara akara ụda olu wepụtara usoro nkanye akara ụda olu bụ, R.C. Abraham, Emenanjọ na Williamson, na Green na Igwe, Welmers na Nwachukwu (hụ Mbah, 1999, 2018).

### Ihe omume

a. Kọwaa usoro nkanye akara ụda, nke olu Green na Igwe wepụtara?

b. Olee ihe jikọtara usoro nkanye akara ụda olu ndị a niile ọnụ?

## 6.0 Nrụmaka/Ngụmi


Emenanjọ, E.N. (1978). *Elements of modern Igbo grammar*. Ibadan: Universty Press

Emenanjọ, E.N. (2015). *A grammar of contemporary Igbo: Constituents, features and processes*. Port Harcourt: M&J Grand Orbit  Communications Ltd

Mbah, B.M. (1999). *Studies in syntax: The Igbo phrase structure.* Nsukka: Prize Publishers

Mbah, B.M. (2018). *Generalised Igbo syntax*. Awka: Amaka Dreams Ltd.

Mbah, B.M. & Mbah, E.E. (2010). *Topics in phonetics and phonology: Contributions from Igbo*. Nsukka: AP Eụpress Publishers.

Nwachukwu, P.A. (1995). *Tone in Igbo syntax.* Nsukka: Igbo Language Association.

## MODUL 4: NKEJI OKWU NA NDAKỌRỊTA ỤDA UME

Nkeji okwu bụ ikeri mkpụrụ okwu dị ka mkpọpụta ụda na etu ekumume ha siri dị. Ọ na-egosi nkebi ole mkpụrụ okwu ọ bụla nwere iji mata ụda olu ole o nwere ike inwe. Ihe na-egosipụta nkeji okwu ole dị n’okwu na-abụ ụda ume ole na myiri ụda ume ole dị n’okwu ahụ. Ndakọrịta ụda ume, n’aka nke ọzọ, bụ nkwekọrịta ụda ume nke na ụda ume dị na mkpụrụ okwu ma ọ bụ nkeji okwu ọ bụla ga-esiriri n’otu otu pụta.

Yunit atọ dị na modul a. Ha bụ ndị a na-esote:

Yunit 1: Nkeji okwu

Yunit 2: Mgbaso iwu ndakọrịta ụda ume

Yunit 3: Nnu isi na ndakọrịta ụda ume

## YUNIT 1: Nkejiokwu

Ndịna

1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna kpọm kwẹm
    3.1 Nkọwa na ngosipụta nkeji okwu Igbo
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Nrụmaka/Ngụmi

### 1.0 Mkpọlite

Asụsụọ bụla nwere usoro e ji ejikọta mkpụrụ ụda ya iji mebe mkpụrụ okwu. E kejie mkpụrụ okwu asụsụ ọ bụla n’usoro a, a ga-achọpụta etu e siri mepụta ya. Nkeji okwu bụ ikeri mkpụrụ okwu dị ka mkpọpụta ụda na etu ekumume ha siri dị. Ọ na-egosi nkebi ole mkpụrụ okwu ọ bụla nwere iji

mata ụda olu ole o nwere ike inwe. Ihe na-egosipụta nkeji okwu ole dị n'okwu na-abụ ụda ume ole na myiri ụda ume ole dị n'okwu ahụ. Nkumume ole e jiri kpọpụta okwu ahụ na-egosi nkeji okwu ole okwu ahụ ga-enwe.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha yunit a, ị ga-enwe ike:

- kọwaa ihe nkeji okwu bụ.
- nyee ndịmiche dị n'etiti nkeji okwu oghe na nkeji okwu ntachi.
- kọwaa njirimara nkeji okwu Igbo.

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Nkọwa na ngosipụta nkeji okwu Igbo

Ụdị nkeji okwu zuru ụwa bụ nke na-enwe otu mgbochi ume na mbido na ụda ume na-eso ya. Nke a ka a na-edepụta dị ka 'MỤ'. 'M' bụ mgbochi ume ebe 'Ụ' bụ ụda ume. E kere nkeji okwu ụzọ abụọ. Ha bụ:

a. nkeji okwu oghe

b. nkeji okwu ntachi

A. **Nkeji okwu oghe**: Nke a bụ nkeji okwu, nke ụda ume  na-abịa na ngwụsị ya. Ọ bụ udị nkeji okwu a ka e nwere n'Igbo.

B. **Nkeji okwu ntachi**: Nke a bụ nkeji okwu mgbochi ume na-abịa na ngwụsị ya. E nweghi nkeji okwu ntachi n'Igbo.

N'asụsụ mba ụwa ụfọdụ, a na-enwe ma nkeji okwu oghe ma nke ntachi. Ọmụma atụ bụ asụsụ Bekee. Tụlee mkpụrụ okwu Bekee ndị a:

68. boy /bɔɪ/ M Ụ
sea /si/ M Ụ
allow /əlaʊ/ Ụ M Ụ

Mkpụrụ okwu ndị a dị n'elu bụcha nkeji okwu oghe n'ihi na ọ bụ ụda ume mechiri ha.

Lee anya na mkpụrụ okwu ndị a na-esote:

69. sit /sɪt/ M Ụ M
    come /kʌm/ M Ụ M
    love /lʌv/ M Ụ M

Mkpụrụ okwu ndị a dị n’elu bụcha ntachi n’ihi na ọ bụ mgbochi ume mechiri ha.

**Igosipụta nkeji okwu Igbo**

Mkpụrụ okwu Igbo nwere ike inwe otu nkeji okwu, nkeji okwu abụọ, nkeji okwu atọ, nkeji okwu anọ, nkeji okwu ise ma ọ bụ karịa. Ihe nke a pụtara bụ na e nwere nkeji okwu dị iche iche site n’etu mkpụrụ okwu siri todebe ogologo.

**Otu nkeji okwu**

Ọmụma atụ okwu ndị a nwere otu nkeji okwu bụ:

i. a, e, i, ị, o, ọ - ụda ume ndị a nwere otu nkeji okwu

ii. m, n - myiri ụda ume ndị a nwere otu nkeji okwu

iii. isi ngwaa niile, tinyere ndị nwere mkpọso nwere otu nkeji okwu, pịa, b[a, dị ka si, nụ, je, dị, be, ti, sa, be, wdg.

iv. nwa, ya, ha, mụ, ji, nwa, dị, wdg.

**Nkeji okwu abụọ**

Ọmụma atụ okwu ndị nwere nkeji okwu abụọ gụnyere:

70. a/da
    a/gba
    e/ro
    e/ku
    n/ne

**Nkeji okwu atọ**

Ọmụma atụ okwu ndị nwere nkeji okwu atọ bụ:

71. a/kpụ/kpọ

ọ/kpụ/kpụ

a/kwụ/kwọ

o/si/si

e/chi/che

n/ku/me,wdg.

**Nkeji okwu anọ**

Ọmụma atụ okwu ndị nwere nkeji okwu anọ bụ:

72. m/kpụ/m/kpụ

ụ/da/u/me

o/go/lo/go

ọ/ma/rị/cha

e/be/ne/be

**Nkeji okwu ise**

Ọmụma atụ okwu ndị nwere nkeji okwu ise gụnyere: n/ke/ji/o/kwu, ọ/kpụ/tọ/rọ/kpụ,

73. n/kwe/kọ/rị/ta

m/gbị/rị/m/gba

m/gbo/chi/u/me

m/ba/da/m/ba

ọ/ka/a/sụ/sụ

**Nkeji okwu isii**

Ọmụma atụ okwu ndị nwere nkeji okwu isii bụ:

74. ke/ọ/dị/n/kwe/nye

n/kwu/ru/n/kwu/ru

e/de/me/de/o/kwu

**Nkeji okwu asaa**

Ọmụma atụ okwu ndị nwere nkeji okwu asaa gụnyere:

75. m/yi/ri/ụ/da/u/me,
    n/da/kọ/rị/ta/m/kpị,
    m/ma/m/pụ/rụ/i/che

**Njirimara nkeji okwu Igbo**

a. Naanị mgbochi ume enweghi ike igosipụta nkeji okwu. Ọ ga-abụrịrị ya na ụda-ume.

b. Ọ bụ eziokwu na myiri ụda ume na-emechi mkpụrụ okwu ole na ole n'Igbo, a gaghị asị na mkpụrụ okwu dị etu a nwere nkeji okwu ntachi, maka myiri ụda ume na-arụ ọrụ dị ka ụda-ume.

ch. Nkeji okwu na-egosipụta ụda ume ole dị na mkpụrụ okwu.

d. Nkeji okwu na-egosipụta myiri ụda ume ole dị na mkpụrụ okwu.

e. E nweghị nkeji okwu na-enwe mgbochi ume ọyọ. Mgbochi ume ọyọ bụ ebe mgbochi ume abụọ ma ọ bụ karịa na-adịkọta ọnụ n'otu nkeji okwu. Nke a dịkwa n'asụsụ Bekee. Ọmụma atụ:

76. street /strit/ - M M M Ụ M
    bread /brɛəd/ - M M Ụ M
    spray /spreɪ/ - M M M Ụ

f. Nkeji okwu na-enye aka ịmata akara ụda olu ole mkpụrụ okwu ga-ebu.

## Nnwale onwe 1

a. Nye ọmụma atụ nkeji okwu ndị a:

i. Nkeji okwu abụọ

ii. Nkeji okwu atọ

iii. Nkeji okwu ise

iv. Nkeji okwu isii

b. Depụta njirimara nkeji okwu atọ.

## 4.0 Mmechi

Mkpụrụ okwu Igbo ejedebeghi na mkpụrụ okwu nwere nkeji okwu asaa. E nwere karịa nke a site n'etu mkpụrụ okwu siri todebe ogologo. Ebe nkeji okwu na-adị n'okwu na-abụkarị ebe e nwere ụda ume na myiri ụda-ume. Nkeji okwu ole mkpụrụ okwu dị na-egosi akara ụda olu mkpụrụ okwu ahụ ga-ebu, ịma atụ:

i. ọ/kpụ/tọ/rọ/kpụ: E nwere ụda ume  ise n'okwu a; n'ihi ya, mkpụrụ okwu a ga-ebu akara ụda olu ise.

ii. n/ku/me: E nwere otu myiri ụda ume  na ụda ume  abụọ; n'ihi ya, mkpụrụ okwu a ga-ebu akara ụda olu atọ.

## 5.0 Nchịkọta

Ihe na-egosipụta ole nkeji okwu ga-adị na-abụ mgbakọta myiri ụda ume na ụda ume ole dị na mkpụrụ okwu. N'otu ahụ kwa, ole mgbakọta myiri ụda ume na ụda ume dị na mkpụrụ okwu na-egosipụta akara ụda olu ole ga-adị na mkpụrụ okwu.

### Ihe omume

a. Kedu ụdị nkeji okwu zuru ụwa ọnụ?

b. Kọwaa ndịmiche dị na nkeji okwu oghe na nkeji okwu ntachi.

## 6.0 Nrụmaka/Ngụmi

Collins, B. & Mess, I. M. (2003). *Practical phonetics and phonology*. London: Routledge.

Ezeuko, R.O. & Chira, A.E. (2005). *Fonetiiks na fonọlojị Igbo.* Awka: Kristophel Publishers.

Ụwalaka, M.A. (1996). *Fonọlọjị na ntọasụsụ Igbo*. Ibadan: Kraft Books.

## YUNIT 2: Mgbaso iwu ndakọrịta ụda ume

Ndịna

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 Okwu ndị gbasoro iwu ndakọrịta ụda ume

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nrụmaka/Ngụmi

### 1.0 Mkpọlite

Ndakọrịta ụda ume bụ usoro ụdaolu nke a na-ekekọta ụda ume nke asụsụ abụọ na naanị ndị otu nwere ike ime na okwu na-enweghị ihe gunyere ndị otu ọzọ. A na-ahụ ndakọrịta ụda ume n'ọtụtụ asụsụ. Ụfọdụ asụsụ na-ejikọ ndakọrịta ụda ume bụ Igbo, Yoruba, Turkish, w.d.g.

N'asụsụ Igbo, ndị ọka mmụta dị iche iche ejirila mkpụrụokwu dị iche iche kekọta ụda ume dabere n'usoro okwu ha.

Schacter (1961) - na nhọ ụda ume e, i, o, u
mbasa ụda ume a, ị, ọ,ụ

Igwe (1963) - kenkọlọ e, i, o,u
kenkolo ụda ume a, ị, ọ, ụ

Carell (1970) - tensi ụda ume e, i, o, u
ụda ume mfe a, ị, ọ, ụ

Okonkwọ (1974) - arọ ụda ume e, i, o, u
mfe ụda ume a, ị, ọ, ụ

Lindau (1975) - - mwepụ ụda ume e, i, o, u
+ mwepụ ụda ume a, ị, ọ, ụ

Iwu ndakọrịta ụda ume n'asụsụ Igbo na-achọ ka mmadụ mepụta okwu dị mfe n'asụsụ Igbo, ụda ume niile ga-esiri n'otu otu, d.k

a) ịta b) ise
akpụ isi
ịsị eze
ụkwụ imi

**E wezụga**

1. Mgbasa mgbọrọgwụ ngwaa
   me + tụ → metụ
   du + ga → duga
   te + ta → teta
   nye + tu → nyetụ

2. Okwu nha, aha, okwu ma ọzọ na ọtụtụ myiri ụda ume okwu, dị ka
   ụwa + ezu + oke
   Emeka

3. Okwu mbite – ashawo, akamu, wdg.

Na yunit a, a ga-enyocha ndakọrịta ụda ume dị ka o siri pụta ihe n'omee, ntimiwu, jerọndụ, ome ka ngwaa na nsonazụ mgbatị.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha yunit a, ị ga-enwe ike:

j. kpọpụta ndakọrịta ụda ume dị n’omee
k. dee ndakọrịta ụda ume dị na ntimiwu
l. nye ọmụma atụ ndakọrịta ụda ume dị ka o siri pụta ihe na jerọndụ

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Okwu ndị gbasoro iwu ndakọrịta ụda ume

Lee anya n’okwu ndị a:

a. anyụrụ, ọgbakọ, ịzọka
b. okwu, ede, ewumewu

Ọ bụrụ na e lee anya n’okwu ndị a dị n’elu, ị ga-ahụ na ụda ume dị na ha adaghariịghị adaghari. Ezeuko na Chira (2005) kwuru na ọ bụ ụda ume si n’otu otu nke nwere ike ịbụ otu ‘a’ ma ọ bụ ‘e’ mebere okwu ọ bụla. Anyị na-emekwa ka a mata na mgbe ụfọdụ e nwere ike ịhụ okwu e nwere ndagharị ụda ume.

N’ilebanye anya n’okwu ndị gbasoro iwu ndakọrịta ụda ume anyị na-eme ka a mata ebe a na okwu ndị a na-akaba ahụ egosipụta iwu ndakọrịta ụda ume :

Omee
Ntimiwu
Jerọndụ
Omekangwaa
Nsonazụ mgbatị

**A. Omee**

Mgbe a na-emepụta ngwaa omee, a na-agbaso iwu ndakọrịta ụda ume n’iwere omee o/ọ. Ọ bụ ụda ume isi ngwaa ọ bụla ga-egosi ụdị ụda ume ga-abụ nganihu ya, ka e were nwee ndakọrịta ụda ume, d.k.

**Nganihu** **Isi ngwaa** **Omee**

| | | |
|---|---|---|
| O/Ọ | -sụ | ọsụ akwa |
| | -ri | ori nri |
| | -je | oje ije |
| | -gụ | gụ egwu |
| | -gba | ọgba nta |

**B**. **Ntimiwu**

Na ntimiwu, ndakọrịta ụda ume pụtara ihe. N'imepụta ntimiwu, a na-agbakwụnyere isi ngwaa nsonazụ ga-abụ ụda ume. Ụdaume a ga-abụ nsonazụ ya na ụda ume jedebere isi ngwaa ahụ ga-adakọtarịrị, d.k.

| **Isi ngwaa** | **Nsonazụ** | **Ntimiwu** |
|---|---|---|
| la | -a | laa |
| sụ | -ọ | sụọ |
| be | -e | bee |
| ta | -a | taa |
| ri | -e | rie |

**CH. Jerọndụ**

N'imepụta jerọndụ, a na-enwe ụda ume bụ nganihu na isingwaa ga-ebu ya bụ nganihu. Isingwaa abụọ a na-abụ nke mbụ bụ isingwaa jerọndụ, nke abụọ bụ myinaabọ isi ngwaa, d.k.

| Nganihu | Isi ngwaa | Myinaabisingwaa | Jerọndụ |
|---|---|---|---|
| Ọ | kpụ | kpụ | ọkpụkpụ |
| Ọ | rị | rị | ọrịrị |
| Ọ | sụ | sụ | ọsụsụ |
| O | si | si | osisi |
| O | lu | lu | olulu |

**D**. **Ome-ka-ngwaa**

A bịa n'ome-ka-ngwaa, nganihu ọ na-ebu na-abụkarị ụda ume e/a. Ọ bụ ụda ume jedebere isi ngwaa na-egosi ụda ume ga-abụ nganihu ya n'imepụta ome-ka-ngwaa, d.k.

| Nganihu | Isi ngwaa | Ome-ka-ngwaa |
|---|---|---|
| a- | gba | agba |
| a- | tụ | atụ |
| a- | kọ | akọ |
| e- | ze | eze |
| e- | gwu | egwu |

E. Nsonazụ mgbatị ‘te’ na ‘ta’

Isingwaa na nsonazụ mgbatị ya na-adakọrịta. A bịa na ngwaa ‘wete’, e nwere mọfịm abụọ ‘we’ na ‘te’ ebe isingwaa bụ ‘we’, nsonazụ ya bụ ‘te’. E nwere ndakọrịta ụda ume ebe a.

Lee ọmụma atụ ndị ọzọ :

| **Isi ngwaa** | **Nsonazụ mgbatị** | **Ngwaa** |
|---|---|---|
| si | -te | site |
| ku | -te | kute |
| go | -te | gote |
| mụ | -ta | mụta |
| rụ | -ta | rụta |

## Nnwale onwe 1

Dee ọmụma atụ ndakọrịta ụda ume abụọ abụọ na ndị a :

a. Omee

b. Ntimiwu

ch. Jerọndụ

d. Ome-ka-ngwaa

e. Nsonazụ mgbatị

## 4.0 Mmechi

Ọ bụ ụda ume ndị a ka e nwere ike iji sụ asụsụ ma ọ bụ detuo okwu Igbo ọ bụla. Ma otu ihe doro anya bụ na okwu Igbo nwere ike nabata sọọsọ ụda ume dị n'otu abụọ a n'otu okwu. Nke a mee, mara na e nwere ndakọrịta ụda ume.

## 5.0 Nchịkọta

N'ilebanye anya n'okwu ndị gbasoro iwu ndakọrịta ụda ume, anyị na-eme ka a mata ebe a na okwu ndị a na-akaba ahụ egosipụta iwu ndakọrịta ụda ume: omee, ntimiwu, jerọndụ, ome-ka-ngwaa na nsonazụ mgbatị.

### Ihe omume

a. Kpọpụta ndakọrịta ụda ume dị n'omee

b. Dee ndakọrịta ụda ume dị na ntimiwu

ch. Nye ọmụma atụ ndakọrịta ụda ume dị ka o siri pụta ihe na jerọndụ

## 6.0 Nrụmaka/Ngụmi

Ezeuko, R.O. na A.E. Chira. (2005). Fonetiks na fonọlọjị Igbo. Awka : Kristophel Publishers.

## YUNIT 3: Nnupụ isi na ndakọrịta ụda ume

### Ndịna

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 Okwu ndị nupuru isi na ndakọrịta ụda ume

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nrụmaka/Ngụmi

## 1.0 Mkpọlite

Na yunit gara aga, ị mụrụ maka okwu ndị gbasoro iwu ndakọrịta ụda ume. Na yunit nke a, ị ga-ahụ na o nwere okwu Igbo ndị agbasoghị iwu ndakọrịta ụda ume. Okwu ndị dị otu a nupuru isi.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha yunit a, ị ga-enwe ike:

m. mata ihe kpatara okwu Igbo ụfọdụ anaghị agbaso iwu ndakọrịta ụda ume
n. detuo ọmụma atụ okwu ndị nupuru isi na ndakọrịta ụda ume n'Igbo

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Okwu ndị nupuru isi na ndakọrịta ụda ume

Oge ụfọdụ e nwere ike ịhụ okwu e nwere ndagharị ụda ume. Ọnọdụ dị otu a ka anyị ji ekwu na okwu ụfọdụ na-enupu isi n'iwu ndakọrịta ụda ume. A ga-ahụ okwu ndị nupuru isi n'iwu ndakọrịta ụda ume n'ihe ndị dị otu a :

Aha mmadụ

Okwu mbite ma ọ bụ mgbazite

Okwu Bekee a nabatara n'asụsụ Igbo

Iji isi ngwaa abụọ mepụta okwu

Ka anyị turie ọnọdụ ndị a ga.

**A. Aha mmadụ**

Aha mmadụ ụfọdụ na-enupu isi n'iwu ndakọrịta ụda ume. Aha ndị dị otu a ka a na-akpọ aha ukwu, d.k.

| | | |
|---|---|---|
| Onyemaechi | - | Onye + ma + echi |
| Mmesoọma | - | Mmeso + ọma |
| Akụbụeze | - | Akụ + bụ + eze |

| | | |
|---|---|---|
| Chukwuemeka | - | Chukwu + eme + ka |
| Igwebụike | - | Igwe + bụ + ike |

**B. Okwu mbite**

Okwu mbite nwere ike bụrụ okwu Awụsa, Yoruba, d.g.

Ọmụma atụ

agboro

ashawo

suya

wayo

**CH. Okwu Bekee**

Okwu Bekee ụfọdụ a nabatara n'asụsụ Igbo sokwa nupụ isi n'iwu ndakọrịta ụda ume. Okwu ndị dị otu a anyị na-asụpe ha n'Igbo ka ha were daba n'asụsụ anyị, d.k.

kashu
rekọdụ
sayensị
pensụlụ

**D. Isi ngwaa**

Ebe a anyị ga-ahụ isi ngwaa abụọ ụda ume ha dịcha iche dị ka :

| Isi ngwaa | | Isi ngwaa | | Ngwaa |
|---|---|---|---|---|
| rị | + | da | = | rịda |
| ga | + | ru | = | garu |
| se | + | pụ | = | sepụ |

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| gba | + | tu | = | gbatu |
| lo | + | ta | = | lota |

**Nnwale onwe 1**

Nye ọmụma atụ nnupu isi na ndakọrịta ụda ume abụọ abụọ na ndị a :

Aha mmadụ

Okwu mbite ma ọ bụ mgbazite

Okwu Bekee a nabatara n’asụsụ Igbo

Iji isi ngwaa abụọ mepụta okwu

## 4.0 Mmechi

Iwu ọ bụla dịnụ, a ga-enwerịrị ndị ga-enupu isi. Okwu ndị agbasoghị iwu ndakọrịta ụda ume bụ ndị nupuru isi n’iwu a. Ọ bụ okwu ndị dị etu a ka ị mụrụ na yunit a.

## 5.0 Nchịkọta

Okwu ndị nupuru isi n’iwu ndakọrịta ụda ume n’Igbo gụnyere: Aha mmadụ, okwu mbite ma ọ bụ mgbazite, okwu Bekee a nabatara n’asụsụ Igbo na iji isi ngwaa abụọ mepụta okwu.

**Ihe omume**

a. Olee ihe kpatara okwu Igbo ụfọdụ anaghị agbaso iwu ndakọrịta ụda ume ?
b. Detuo ọmụma atụ okwu ndị nupuru isi na ndakọrịta ụda ume n’Igbo ị ma.

## 6.0 Nrụmaka/Ngụmi

Ezeuko, R.O. & A.E. Chira. (2005). *Fonetiks na fonọlọjị Igbo*. Awka : Kristophel Publishers.

## MODUL 5: ATỤTỤ ỌDỊDỊ ỤDA ASỤSỤ NDỊ ỌZỌ NA OKWU MBITE

Modul a ga-achịkọta ihe ndị niile e merela n'atụtụ ga, e nwere n'ọdịdị ụda asụsụ. Ngalaba ndị na-esote ga-eleba anya n'echiche ndị e nwegasịrị n'ọdịdị ụda asụsụ. Atụtụ ndị a n'agba dị iche iche bụ ndị e wubere na ngwụcha senchuri 19 na n'ọkara senchuri 20. Ọ bụ ezie na ị gụọla maka ọdịdị ụda asụsụ mmụbawanye nsiniwu, ị ga-agụkwa banyere mbawanye ọ bawanyere. Ihe kacha mkpa bụ na ị ga-agụ maka ọdịdị ụda asụsụ ndị ọzọ, tinyekwara nchọcha e merela.

Nkegasị dị na modul 5 gụnyere:

Yunit 1: Amụmamụ ndokọ ụda asụsụ ọdịnala

Yunit 2: Atụtụ agwara mmemiche

Yunit 3: Mkpokọta nchọcha e merela n'okwu mbite

### YUNIT 1: Usoro amụmamụ ụda asụsụ ọdịnala

Ndịna

1.0 Mkpọlite
2.0 Mbunuche
3.0 Ndịna kpọm kwẹm
 3.1 Nkọwami usoro amụmamụ ndokọ ụda asụsụ ọdịnala
 3.2 Mkpụrụ ụda asụsụ
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Nrụmaka/ngụmi

## 1.0 Mkpọlite

Usoro ndokọ mkpụrụ ụda asụsụ, bụ ihe ọmụmụ lebanyere anya na ndịmiche dị n’etiti usoro ndokọ ụda na ibe ya, etu mkpụrụ ụda ụda si abịakọta ọnụ n’imepụta okwu. Ezeuko na Chira (2005) kọwara na ihe ọmụmụ a bụ ọdịdị ụda asụsụ metụtara aka na-anụ mkpụrụ ụda asụsụ, mkpị iche, mpụrụ mbọsu na nke mkpọso, ndịmiche na mkpụrụ ụda asụsụ, nkeji okwu, myiri ụda ume, ndagba myiri ụda ume, ndakọrịta ụda ume, ndapụ, mkpọso, ụda olu, dg. Ị gụọla ihe ndị a n’afọ nke abụọ. Ị ga-agụ maka atụtụ dị iche iche e nwere n’ọmụmụ ọdịdị ụda asụsụ. Nke ị ga-amụ na yunit a bụ usoro ndokọ ụda ọdịnala.

Ebe mgbakwasị ụkwụ atụtụ ndokọ ụda ọdịnala bụ na mkpụrụ ụda asụsụ. Atụtụ a na-egosi na o nweghi mkpụrụ ụda asụsụ abụọ yitewere onwe ha kpọm kwem, ọ sọkwa ha, ha bụrụ ndị a na-ahụta n’otu ọnọdụ. A ga-enweriri ndịmiche ga-adị n’etiti ụda ndị ahụ. Sommerstein (1977) n’ime Agbedo (2000), kọwara na atụtụ ndokọ mkpụrụ ụda asụsụ ọdịnala gbakwasịrị ụkwụ na ndịmiche niile na-apụta ihe na mkpụrụ ụda asụsụ, ndị e nwere n’asụsụ ọ bụla. Atụtụ amụmamụ ndokọ mkpụrụ ụda ọdịnala kwenyere na ọ bụ site na mkpụrụ ụda asụsụ ka e si enweta ndịmiche na nghọta mkpụrụ okwu.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha yunit a, ị ga-enwe ike:

- kọwaa ihe atụtụ usoro ndokọ mkpụrụ okwu ọdịnala bụ
- gosi ndịmiche dị n’etiti mkpụrụ ụda asụsụ na ibe ya
- kọwapụta ihe na-ewebata ndịmiche na nghọta mkpụrụ okwu

## 3.0 Ndịna kpọm kwem

### 3.1 Nkọwami atụtụ amụmamụ ndokọ mkpụrụ ụda ọdịnala

Atụtụ amụmamụ ndokọ mkpụrụ ụda ọdịnala bụ atụtụ mbụ na mbụ, nke ndị izizi malitere amụmamụ asụsụ tụpụtara. Asadụ (2016) dere na ihe kachasị mkpa n’atụtụ a bụ mkpụrụ ụda asụsụ nakwa usoro ha, nke a na-ahụta n’akpọmakpọ olu asụsụ ga. N’afọ 1896, otu onye Poland, aha ya bụ De Courtenay, chepụtara mkpụrụ okwu a bụ ‘mkpụrụ ụda’ iji nọchie anya ụmụ ụda dị n’asụsụ.

Sommerstein (1977) rụrụ ụka na mbunuche usoro amụmamụ ndokọ mkpụrụ ụda bụ inyocha njrimara ụda asụsụ, nke mere ka ha pụọ iche n’ebe ndị ọzọ dị. Ọ bụ njirimara ndị a na-ewebata ndịmiche n’akpọmakpọ. Ngwa ọrụ usoro a bụ mkpụrụ ụda asụsụ, ndị nke na-eweta ndịmiche na nghọta mkpụrụ okwu; a gaala n’ihu ịkpọ atụtụ a usoro ndokọ mkpụrụ ụda (hụ Mbah, 2014). Ọ bụ atụtụ a na-ahazi mkpọpụta n’usoro mkpụrụ ụda asụsụ dị iche iche.

Nke a pụtara, n’okwu Asadụ (2016), na usoro amụmamụ ndokọ mkpụrụ ụda bụ ngalaba ọmụmụ usoro ndokọ gbasara mkpụrụ ụda asụsụ. Atụtụ wuru ewu n’agbata afọ 1920 ruo n’afọ 1960. Ọkpụrụkpụ ajụjụ atụtụ usoro ndokọ mkpụrụ ụda nyere ụsa ha bụ:

a. Olee ụda asụsụ ndị na-anọrọ onwe ha n’asụsụ?

b. Kedụ njirimara mkpụrụ ụda asụsụ, ndị nwere ike iweta ndịmiche n’etiti mkpụrụ okwu n’asụsụ?

Ọ bụ na ‘Prague School of Phonology’ ka usoro ọmụmụ a malitere. Ndị isi n’ụlọ akwụkwọ ahụ n’oge ha malitere amụmamụ a bụ Trubetzkoy na Jackobson.

## Nnwale onwe 1

a. Gịnị bụ ihe kachasị mkpa n’atụtụ usoro ndokọ mkpụrụ ụda?

b. Kedu onye kwupụtara na mbunuche usoro amụmamụ ndokọ mkpụrụ ụda ọdịnala bụ inyocha njrimara ụda asụsụ?

ch. Olee afọ a malitere ịmụ atụtụ usoro ndokọ mkpụrụ ụda?

## 3.2 Mkpụrụ ụda asụsụ

Na yunit a, ọ dị ezigbo mkpa na anyị lebara anya na mkpụrụ ụda asụsụ n’ihi na ọ bụ ya bụ isi a hụrụ kwaba okpu n’atụtụ usoro ndokọ mkpụrụ ụda. Asụsụ ọ bụla nwere mkpụrụ ụda asụsụm ndị e ji akọwapụta ya. Mkpụrụ ụda asụsụ bụ ụda pekarịcharanụ nke na-egosipụta ndịmiche na nghọta dị iche n’okwu, ndị ha batara na ha. Ọmụma atụ mkpụrụ ụda asụsụ gụnyere /p, b, t, d, k, g/ wdg. Mkpụrụ ụda asụsụ metụtara mgbochi ume na ụda ume, ndị e nwere n’asụsụ. A bịa n’Igbo izugbe, e nwere mkpụrụ ụda asụsụ dị iri atọ na isii. Iri abụọ na asatọ n’ime ha bụ mgbochi ume, ebe asatọ

bụ ụda ume. Etu o sila dị, a chọpụtala na ‘ẹ’ (/ɛ/) bụ mkpụrụ ụda, zuo Igbo niile ọnụ mana o soghi n andị e ji ede Igbo izugbe. A ga na-akpọbata ya nwayọọ nwayọọ ebe o kwesiri ka ndọrọ ndọrọ usoro edemede ghara ichigha azụ. Mkpụrụ ụda asụsụ a rụtụrụ aka ebe a kwụụrụ onwe ha. Ọ bụ ha ka a kpọrọ mkpụrụ ụda asụsụ (Ezeuko na Chira, 2005).

Ọtụtụ ndị ọka mmụta enyela nkọwa banyere ihe mkpụrụ ụda asụsụ bụ. Mbah na Mbah (2010) kọwara mkpụrụ ụda asụsụ dị ka mkpụrụ edide ma ọ b ụda olu, nke ọrụ ya bụ iweta mgbanwe n’echiche okwu abụọ ma ọ bụ karịa, ndị nwere otu ụdịdị mkpụrụ edide na ụda olu belu sọ n’otu mkpụrụ ụda. N’otu aka ahụ, Ladefoged (1975) hụkwara ya dị ka ụda pekarịcharanụ, nke a na-amata site n’ọrụ igosi ndịmiche ọ na-arụ na mkpụrụ okwu. Jones (1967) nwere nkọwa dị iche na nke ndị ọzọ nyerela. Ọ kọwara mkpụrụ ụda asụsụ dị ka ụda na-anọchite anya ụmụ ụda mejupụtara ụda ahụ. N’aka nke ọzọ, Trubetzkoy (1939) n’ime Mbah na Mbah (2010) hụrụ mkpụrụ ụda asụsụ dị ka mkpokọta njirimara ụda ndị niile bara uru.

**Nnwale onwe 2**

a. Gịnị bụ mkpụrụ ụda asụsụ?

b. Kedu otu nkọwa mkpụrụ ụda asụsụ, nke i kwenyekarịrị na ya? Kwado az[za g[.

## 4.0 Mmechi

Usoro amụmamụ ndokọ mkpụrụ ụda ọdịnala bụ atụtụ mbụ na mbụ, nke ndị izizi malitere amụmamụ usoro ụda asụsụ tụpụtara. Ọ bụ na ‘Prague School of Phonology’ ka usoro ọmụmụ a malitere. Ndị isi n’ụlọ akwụkwọ ahụ n’oge ha malitere ya bụ Trubetzkoy na Jackobson. Asụsụ ọ bụla nwere mkpụrụ ụda asụsụ, ndị e ji akọwapụta ya. Ọ bụ mkpụrụ ụda asụsụ bụ isi a hụrụ kwaba okpu n’usoro amụmamụ ndokọ mkpụrụ ụda.

## 5.0 Nchịkọta

Na nchịkọta, e nwere otu atụtụ usoro amụmamụ mkpụrụ ụda. Nke a bụ usoro amụmamụ ndokọ mkpụrụ ụda. Atụtụ a malitere n’agbata afọ 1920 ruo n’afọ 1960 hà. Atụtụ a gbara mbọ ịza

ọkpụrụkpụ ajụjụ abụọ ndị a: olee mkpụrụ ụda asụsụ, ndị na-anọrọ onwe ha n'asụsụ; ya na, kedu njirimara mkpụrụ ụda asụsụ, ndị nwere ike iweta ndịmiche n'etiti mkpụrụ okwu n'asụsụ.

## Ihe omume

a. Kọwaa ihe ị ghọtara atụtụ usoro ndokọ mkpụrụ ụda bụ.

b. Ọ bụ onye hụrụ mkpụrụ ụda asụsụ dị ka ọnọchie ụmụ ụda?

ch. Olee ihe na-ewebata ndịmiche na nghọta mkpụrụ okwu ?

## 6.0 Nrụmaka/Ngụmi


Agbedo, C.U. (2000). *General linguistics: An introductory reader*. Nsukka: A.C.E. Resources Konsult.

Asadụ, A.N. (2016). Classical phonology. Na Mbah, B.M. (Ọhz.). *Theories of linguistics, ihu* 1-11. Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

Ezeuko, R.O. & A. E. Chira. (2005). *Fonetiiks na fonọlojị Igbo*. Awka: Kristophel Publishers.

Jones, D. (1967). *The phoneme*. Cambridge: Cambridge University Press.

Ladefoged, P. (1971). *Preliminaries to linguistic phonetics*. Chicago: University of Chicago Press.

Mbah, B.M. & Mbah, E.E. (2010). *Topics in phonetics and phonology: Contribution from Igbo*. Nsukka: Pachal Communications.

Mbah, B.M. (2014). Atụtụ amụmamụ asụsụ. Nsukka: University of Nigeria Press Ltd

Schane, S.A. (1975). *Generative phonology*. New Jersey: Princeton Hall.

Sommerstein, A. (1977). *Modern phonology*. London: Edward Arnold.

Trubetzkoy, N.S. (1939). *Principles of phonology*. Prague: Linguistics Circle.


## YUNIT 2: Atụtụ agwara mmemiche

### Ndịna

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna  kpọm kwẹm

3.1 Nkọwami atụtụ agwara mmemiche
4.0 Mmechi
5.0 Nchịkọta
6.0 Nrụmaka/Ngụmi

## 1.0 Mkpọlite

Atụtụ agwara mmemiche bụ atụtụ, nke e ji akọwa ihe mere mkpụrụ ụda ọ bụla ji dị iche, etu ha si yidewe, na etu o si eme omume na ndakọrịta ya na mkpụrụ ụda ndị ọzọ. Agwara mmemiche bụ mmemiche, nke mkpụrụ ụda asụsụ nwere, ndị na-eweta ndịmiche na mkpụrụ ụda asụsụ dị iche iche. Ọ bụ mmemiche ndị a na-eme mkpụrụ ụda asụsụ ji eweta mgbanwe na nghọta mkpụrụ okwu. Mpụrụ iche a nwere ike ịbụ nnwemolu na enwemolu, d.g. Ọtụtụ ndị ọka mmụta amụmamụ asụsụ enyela nkọwa banyere agwara mmemiche . Ha ahụtala ọnọdụ a dị ka agwara ndị ahụ na-ekewapụ otu mkpụrụ ụda asụsụ na ibe ya. Crystal (1991) na Fromkin, Rodman na Hyams (2007) rụrụ ụka n'ịkọwa agwara mmemiche dị ka nsina chi, nke mkpụrụ ụda asụsụ ọ bụla nwere, nke mere ka ọ pụọ iche na mkpụrụ ụda ndị ọzọ. Iji maa atụ, /p/ na /b/ bụ ụda ike ndapụta nke egbugbere ọnụ abụọ mana agwara mmemiche ha bụ na /b/ bụ ụda nnwemolu ebe /p/ bụ ụda enwemolu. Ọ bụ ihe a bụ ụdị nkọwa agwara a bụ isi, nke a hụrụ kwaba okpu na yunit a.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha yunit a, ị ga-enwe ike:

- kọwaa ihe atụtụ agwara mmemiche bụ
- nye ndịmiche agwara dị na mkpụrụ ụda asụsụ ga
- see ntụ agwara mmemiche

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Nkọwami atụtụ agwara mmemiche

Ndị nchọcha atụtụ usoro ndokọ mkpụrụ ụda ọdịnala, d.k. Trubetzkoy (1939) na Jackobson (1941), kpebiri na e nweghi ike ịgbari mkpụrụ ụda asụsụ. Etu o sila dị, e mechara chọpụta na mkpụrụ ụda

asụsụ nwere agwara mmemiche , ndị e ji a gbari agwara mkpụrụ ụda. Edemede Chomsky na Halle (1968) bụ ntọala atụtụ agwara mmemiche .

Umeọdịnka (2016) dere na atụtụ agwara mmemiche mere ka o doo anya na ọ bụ ọdịdị ụda, nke e ji akọwami ụda ma na-egosi ndịmiche ha nwere. Ọ bụ ọdịdị ụda zipụtara ndịmiche nghọta mkpụrụ ụda asụsụ. Iji maa atụ, a bịa na mgbochi ume, ọ bụ ọdịdị ụda wepụtara ihe, ndị a ga-elegara anya na mkpọpụta ha. Ihe ndị nlegara anya gụnyere ebe mkpọpụta, ụdị mkpọpụta na ụdị olu. Nke a butere ndịmiche dị n’etiti ‘site’ na ‘zite’. /s/ bụ ụda enwemolu ebe /z/ bụ ụda nnwemolu.

Ọ bụ nke a mere atụtụ agwara mmemiche jiri kwenye n’ụdịdị ụda kwesiri ịgbado ụkwụ n’agwara mmemiche , nke ọ bụla nwere. Ya mere na ụda nwere ike bụrụ mgbochi ume ma ọ bụ ụda ume, nnwemolu ma ọ bụ enwemolu, ụda imi ma ọ bụ ụda ọnụ, gd. Ihe ọzọ atụtụ a kwenyekwara na ya bụ na ọ bụrụ na ụda asụsụ nwee agwara, a ga-akanyere ya akara obe (+) mana ọ bụrụ na o nweghị agwara, a ga-akanyere ya akara uhie (-).

Tebulu na-esote bụ ntụ agwara mmemiche ụfọdụ ụda asụsụ n’Igbo.

| | p | b | t | d | i | k | u | g |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| Ụda ike | + | + | + | + | - | + | - | + |
| Enwemolu | + | - | + | - | - | + | - | - |
| Nnwemolu | - | + | - | + | + | - | + | + |
| Kegbugbere ọnụ | + | + | - | - | + | - | + | - |
| Keanyụrụ | - | - | + | + | - | - | - | - |
| Keakpo nro | - | - | - | - | - | + | + | + |
| Mgbochi ume | + | + | + | + | - | + | - | + |
| Ụda ume | - | - | - | - | + | - | + | - |

I nyochaa tebulu a dị n’elu nke ọma, ị ga-achọpụta na ihe atụtụ agwara mmemiche na-ahụta dị ka mpụrụ iche ụda asụsụ bụ agawara ụda asụsụ ahụ na-ezipụta.

## Nnwale onwe 1

See ntụ agwara mmemiche ụda asụsụ ndị a:

/p/

/d/

/kw/

/gw/

/kp/

/gb/

/ɪ/

/a/

## 4.0 Mmechi

Iji agwara mmemiche mkpụrụ ụda asụsụ nwere wee kọwaa mkpụrụ ụda asụsụ ahụ bụ ọrụ atụtụ agwara mmemiche. E ji atụtụ a akọwa etu mkpụrụ ụda asụsụ si emega omume. Mmemiche, nke mkpụrụ ụda asụsụ nwere ndị na-eweta ndịmiche na mkpụrụ ụda asụsụ dị iche iche. Ọ bụ mmemiche ndị a na-eme mkpụrụ ụda asụsụ ji eweta mgbanwe na nghọta mkpụrụ okwu. Mpụrụ iche a nwere ike ịbụ nnwemolu, enwemolu, keegbugbere, keakpo, ụda ime, d.g.

## 5.0 Nchịkọta

Na nchịkọta, ọ bụghị naanị mpụrụ iche na-ekewa mkpụrụ ụda asụsụ na ibe ya. Agwara mkpụrụ ụda asụsụ ahụ nwere agwara na-egosi na ọ pụrụ iche. Mkpụrụ ụda asụsụ abụọ nwere ike yitewe onwe ha n'ihe niile mana ọ bụ agwara mmemiche, nke ha nwere, ga-eweta ndịmiche. Iji maa atụ, ha abụọ nwere ike bụrụ ụda ike ndakpu mana otu ga-enwe olu ebe ibe ya agaghị enwe olu.

## Ihe omume

a. Gịnị ka ị ghọtara atụtụ agwara mmemiche bụ ?
b. Olee ọrụ agwara na-arụ na nkọwami mkpụrụ ụda asụsụ ga?
c. Kedụ ndị nchọcha abụọ nyochapụtara atụtụ agwara mmemiche ị ma?

## 6.0 Nrụmaka/Ngụmi

Crystal, D. (1991). *A dictionary of linguistics and phonetics.* Oxford : Basil Blackwell Ltd.

Fromkin, V., Rodman, R., & Hyams, N. (2007). *An introduction to language.* Boston:

Wadsworth Centage Learning.

Trubetzkoy, N.S. (1939). *Grundeuge der phonologic.* Travauz du cerele linguistiọue de Prague 7.

Jackobson, R. (1941). *Child language, aphasia and phonological universal.*

Chomsky, & Halle, M. (1968). *The sound pattern of English.* New York : Harper & Row.

Umeọdịnka, A. U. (2016). Distinctive feature theory. Na Mbah, B.M. (Ọhz.) *Theories of linguistics*, ihu 1-11. Nsukka: University of Nigeria Press Ltd.

## YUNIT 3: Mkpokọta nchọcha e merela

Ndịna

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwẹm

3.1 Usoro mkpụrụ ụda okwu mbite

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nrụmaka/Ngụmi

### 1.0 Mkpọlite

Okwu mbite na-apụta ihe mgbe ndị nwe otu asụsụ na ibe ha nwere mmekọrịta. Mmekọrịta a nwere ike bụrụ site n'azụmahịa, alụmalụ, ibi agbata obi, ndọta n'agha, ma ọ bụ ọtụtụ ihe ndị ọzọ. Yunit a gbadoro ụkwụ na usoro mkpụrụ ụda okwu Bekee, ndị e webatara n'Igbo. Mmekọrịta asụsụ Igbo na asụsụ Bekee bidoro kemgbe ndị Bekee kpapụrụ ndị Potokiri bụ ndị izizi ha na ndị Igbo zụkọọrọ ahịa. Ndị Bekee b[ara maka mgbere, nke ha ji okpukpere chi hido isi. Yunit a tụlere ma o nwere mgbanwe na-adị n'ọdịdị ụda asụsụ okwu Bekee mgbe e webatara ha n'Igbo; tinyekwara etu ha si daba na usoro mkpụrụ ụda okwu Igbo. Ebe e siri nweta okwu Bekee ndị ahụ batara n'Igbo bụ n'ọkọwa okwu kentimiwu asụsụ anọ. Asụsụ anọ ndị ahụ gụnyere Bekee, Awụsa, Igbo na Yoruba.

N’ọkọwa okwu ahụ, e nwere mkpụrụ okwu puku iri na asatọ mana okwu Igbo si na Bekee dị narị isii na anọ. Yunit a chọpụtara na nhazi Igbo haziri okwu mbite ndị ahụ n’usoro ọdịdị ụda asụsụ ndị a: ndakọrịta ụda ume, ndapụ mkpụrụ ụda asụsụ, mkpafanye ụda ume, nnọchi mkpụrụ ụda asụsụ, nsetị ụda ume, olilo, mmebe ụda yịị, myiri ụda ume nọ na mbido nkeji okwu na ọyọkọ mkpụrụ asụsụ Igbo. N’ikpeazụ, nchọcha a gozipụtara na ọtụtụ okwu mbite ndị ahụ hidoro isi na ndokọ mkpụrụ ụda asụsụ nakwa nkeji okwu Igbo. Ọ bụ naanị na ndakọrịta ụda ume na mgbochi ume ọyọ ka ụfọdụ nupụrụ isi.

## 2.0 Mbunuche

Na ngwụcha yunit a, ị ga-enwe ike:

d. mata etu usoro ọdịdị ụda asụsụ dị iche iche siri pụta ihe na mkpụrụ okwu ndị e webatara n’asụsụ Igbo
e. nye ọmụma atụ ndị nke gị

## 3.0 Ndịna kpọm kwẹm

### 3.1 Usoro mkpụrụ ụda okwu mbite

Ndị nwere mmasị n’usoro mkpụrụ ụda lebara anya na usoro mkpụrụ ụda okwu mbite (hụ Yip, 2002, 2004, 2006; Kenstowicz, 2005, 2006; Boersma & Hamann, 2007). N’ihi otu mkpa ma ọ bụ ọzọ, asụsụ na-ebite ibe ya okwu. Okwu mbite bụ mkpụrụ okwu otu asụsụ siri n’asụsụ ọzọ nwete ma were ya ka ọ bụ nke ya.

Mgbe asụsụ bitere mkpụrụ okwu, ọ naghị akwụghachi ya; kama, ọ ga-eweghara ya. Mweghara a ka a na-akpọ nnọkwata okwu mbite. Asụsụ wegharachaa okwu mbite, ọ ga-ahazi ya ka ọ daba n’usoro ụda okwu ya. Nnọkwata na nhazi okwu mbite gbakọtara bụrụ usoro mkpụrụ ụda okwu mbite. N’okwu mbite, a na-enwe mbinye na asụsụ mbiri. Mgbe ndị nwe asụsụ mbiri na-achọ ịnọkwata okwu ha bitere, ha na-agba mbọ ịhụ na ọdịdị mkpụrụ okwu ahụ agbanweghị ma mekwaa ka o hube isi n’ọdịdị ụda asụsụ ha. Okwu mbite Igbo sitere n’ọtụtụ asụsụ ndị gụnyere: Bekee, Awụsa, Yoruba, Ịgala, wdg. Mana yunit a gbakwasịrị ụkwụ naanị n’okwu Bekee e webatara n’Igbo. E meela nchọcha maka okwu mbite n’Igbo (hụ Ajunwa, 2008 iji maa atụ) mana o nweghi onye nyochara usoro mkpụrụ ụda okwu mbite pụtara ihe.

Yunit a ga-atụle ụdị mgbanwe na-adị n'ọdịdị ụda asụsụ okwu Bekee, mgbe e webatara ha n'Igbo ma nyochakwa ma ha adabara n'usoro ụda okwu Igbo. N'ime nke a, e lebara anya n'ọkọwa okwu kentimiwu asụsụ anọ. Mkpụrụ okwu puku iri na asatọ dị na ya mana okwu Igbo bitere Bekee dị narị isii na anọ. Nke a pụtara naanị pasentị atọ na ụma. A bịa n'ịkanye akara ụda olu, e ji akara uhie mkpọda (`) kanyere akara ụda olu ala, na akara akụ mkpọda kanye akara ụda olu nsụda (↓´); a hapụrụ akara ụda olu elu. Akara akụ mkpọda ↓ na-adị n'ihu nkeji okwu, nke nwere ụda nsụda. Ntụgharị n'usoro akpọmakpọ gbasoro usoro mkpụrụ ụda otu akpọmakpọ mba ụwa: *International Phonetic Association's alphabet (IPA)*.

Hyman (1970) gosipụtara na ụta asụsụ mmụbanye nsiniwu kwenyere na nnọkwata okwu mbite na-agbado ụkwụ n'ọdịdị ụda asụsụ mbinye; kama, nhazi usoro nhazi mkpụrụ ụda dịịrị asụsụ mbiri. N'otu aka ahụ, Kenstowicz (2005:1) kwuru na usoro mkpụrụ ụda okwu mbite bụ mmekọrịta dị n'ọdịdị ụda asụsụ, nke asụsụ mbinye na asụsụ mbiri. Ọ gara n'ihu kọwaa na okwu mbite kwesịrị ịgbaso ndokọ mkpụrụ asụsụ, nke asụsụ mbiri n'otu aka ma hubekwa isi n'usoro mkpụrụ ụda asụsụ mbinye n'aka nke ọzọ.

Azịza na Utulu (2003) mere nchọcha usoro mkpụrụ ụda okwu mbite. Ha tụchara okwu Bekee batara n'Urobo na Yoruba; ha chọpụtakwa na e nwere nsetị ụda ume n'okwu Bekee batara na Yoruba. N'ihu akwụkwọ, nke iteghete, ha nyere ọmụma atụ nsetị ụda ume dị ka:

| **Bekee** | **Yoruba** |
|---|---|
| alum | aloomu |
| John | dzoonu |
| class | kilaasi |

Nchọcha Oyebade (2006) gbadoro ụkwụ n'atụtụ nsinoyiyi lebaa anya na nsetị ụda ume dị n'okwu ndị ahụ Yoruba bitere na Bekee. O zipụtara na mpụtara nsetị ụda ume bụ ka okwu mbite ndị ahụ nwee ike ihube isi na ndokọ nkeji okwu Bekee. Burenhult (2001) chọpụtara ọtụtụ mgbanwe dị n'usoro mkpụrụ ụda okwu mbite na Jahai. Mgbanwe ndị a gụnyere: mmebe mkpọnimi, nnọchi mkpụrụ asụsụ, ụda ike keeko ịnọ na ngwụcha nkeji okwu, ịhazighara ọdịdị nkeji okwu na ndapụ ụda mpụta ụda ike.

Nchọcha Chávez-Peón (enweghi deeti) gosipụtara mgbanwe dị iche iche dị n’okwu mbite San Luca Quiavini Zapotec (SLQZ). SLQZ bụ asụsụ Otomangue, nke mgbada ugwu Megziko. Mgbanwe ndị pụtara ihe n’asụsụ a bụ ndapụ ụda ume, nsetị mkpụrụ asụsụ, ntamu na mkpọneko. Golston na Yang (2001) zipụtara na ndapụ mgbochi ume, nsetị ụda ume na ntụgharị nkeji okwu bụ mgbanwe dị n’usoro mkpụrụ ụda okwu mbite White Hmong. Akinlabi (2008) metụtara aka n’usoro ụda okwu mbite Yoruba. O zipụtara ọtụtụ ụzọ Yoruba si ahazi okwu mbite. Ụzọ ndị a gụnyere: mgbochi ume agaghị ebido ma ọ bụ jedebe nkeji okwu, mmepe nnọkọ mgbochi ume, mwebata ụda ume na mwebata ụda shịị keeko. Ọ kọwakwara n’usoro ụda okwu mbite Yoruba họọrọ ịhapụ ebe mkpọpụta mkpụrụ asụsụ ma gbanwee ụdị mkpọpụta ha.

**Fonọlọjị Igbo na nke nke**

Na nkegasị nke a, e lebara anya na mkpụrụ ụda asụsụ Igbo nwere, ndakọrịta ụda ume na ụda olu.

| | Kegbugbere ọnụ abụọ | Kegbugbere ọnụ | Keanyụrụ | Keazụ anyụrụ | Keakpo ike | Keakpo nro | Keegbugbere ọnụ na ọdụ akpo | Keeko |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| Ụda ike Ndapụta | p b | | t d | | | k g | $k^w$ $g^w$ | |
| Ụda ike Ndakpu | kp gb | | | | | | | |
| Ụda imi | m | | n | | ɲ | ŋ | $ŋ^w$ | |
| Ụda chịị | | | | tʃ dʒ | | | | |
| Ụda shịị | | f v | s z | ʃ | | ɣ | | ɦ |
| Ụda rịị | | | r | | | | | |

**CHAATỊ**

| | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| Ụda lịị | | | l | | | | | |
| Ụda yịị | | | | | j | | w | |

**MGBOCHIUME**

/p/ → /pa/

/b/ → /bì/

/t/ → /tì/

/d/ → /dɔ/

/f/ → /fe/

/v/ → /vʊ̀/

/s/ → /si/

/z/ → /zà/

/k/ → /kʊ/

/g/ → /ga/

/kw/ → /kʷà/

/gw/ → /gʷù/

/kp/ → /kpʊ̀/

/gb/ → /gbà/

/m/ → /m↓má/

/n/ → /nne/

/ɲ/ → /ɲʊ̀/

/ŋ/ → /ŋʊ̀/

/tʃ/ → /tʃi/

/dʒ/ → /dʒe/

/ʃ/ → /ʃà/

/ɣ/ → /ɣè/

/ɦ/ → /ɦa/

/r/ → /re/

/l/ → /lɔ/

/j/ → /ja/

/w/ → /wʊ̀/

**Eserese chaat ụda ume Igbo izugbe**



Ụda ume Igbo Izugbe dị asatọ. Ha bụ ndị a dị na chaatị ụda ume a ma e wezuga /ɛ/. Ha na-apụta ihe n'okwu Igbo ndị a:

/i/ → /ìgbe/

/I/ → /ìgba/

/e/ → /aɲa/

/u/ → /ùdù/

/ʊ/ → /ʊkwà/

/o/ → /o↓bé/

/ɔ/ → /ɔgʊ̀/

**Ndakọrịta Ụda ume**

Ụda ume asatọ Igbo nwere kewara ụzọ abụọ n'atụmatụ ndakọrịta ụda ume. Ha bụ ụda mfe na ụda arọ. N'atụmatụ ndakọrịta ụda ume, ụda ume na-adị na mkpụrụ okwu Igbo na-esi n'otu ótù. A na-akpọ ụda mfe ndị otu 'a' ma na-akpọkwa ụda arọ ndị otu 'e'. Ha bụ ndị a:

| OTU 'A' | | OTU 'E' | |
|---|---|---|---|
| a | ị | e | i |
| ọ | ụ | o | u |

| **Ndakọrịta ụda ume, nke otu 'a'** | **Ndakọrịta ụda ume nke otu 'e'** |
|---|---|
| **Ihe atụ** | **Ihe atụ:** |
| akpị | esu |

| | |
|---|---|
| ịnyịnya | ikwe |
| ọdụ | opi |
| ụbọ | uko |

Mbah na Mbah (2010) rụrụ ụka na ụda ihu ire etiti ‘ẹ’ /ɛ/ zuru Igbo niile ọnụ ma na-eweta mkpị iche. Mbah (2021) depụtara mkpụrụ okwu karịrị narị ise, ndị e ji mkpụrụ ụda ‘ẹ’ mepụta n’Igbo. Isi nchọcha Mbah na Ezema (2018) bụ ma e nwere mgbagha ndakọrịta ụda ume n’Igbo n’ezie. Ọ chọpụtara na ebe niile e nwere mgbagha ndakọrịta ụda ume n’olu Igbo izuzugbe, ihe na-akpata ya bụ mkpụrụ ụda ‘a’. Ihe nke a pụtara bụ na a nabata ‘ẹ’ n’ide Igbo izugbe, a gaghị enwezi mgbagha ndakọrịta ụda ume. Nke a bụ n’ihi na ụda ume ga-ekewa onwe ụzọ abụọ: ‘otu E’ [e i o u] na ‘otu Ẹ’ [ẹ ị ọ ụ]. Mkpụrụ edide dị n’otu abụọ ndị a enweghi ike ịdakọrịta mana mkpụrụ edide ‘a’ na nke ọ bụla n’ime ha na-adakọrịta. Eserese mkpụrụ ụda ume olu Igbo izuzugbe bụ nke a:




**Ụda olu**

Igbo bụ asụsụ ụda olu. Nke a pụtara na ụda olu dị mkpa n’okwu Igbo n’ihi na ọ na-ebute ndịmiche n’okwu Igbo dị ka mkpụrụ ụda asụsụ si ebute ndịmiche. Ọtụtụ ndị ọka mmụta n’usoro ụtọ asụsụ Igbo egosila na Igbo nwere ụda olu abụọ zuru oke ya na ụda nsụda (hụ Ụwalaka (1996) iji maa atụ). Ụda olu abụọ ndị a bụ ụda olu elu na ụda olu ala. Ụda olu nsụda anaghị ebido okwu kwụụrụ onwe ya n’Igbo. Ọ na-esote naanị ụda olu elu na nke nsụda. Ọ naghị esote ụda olu ala.

**Nzipụta ụda olu n’Igbo**

Ụda olu elu: imi

ozu

Ụda olu ala: àjà

òkè

Ụda olu nsụda: e↓zé

o↓gbí

**Usoro ọdịdị ụda asụsụ okwu Bekee batara n’Igbo**

(A) Ndakọrịta ụda ume

a. Ndị hubere isi

| **Bekee** | **Igbo** | **Mpụtara** |
|---|---|---|
| /mə'nɒpəli/ | /mòno↓pólì/ | monopoli |
| /ə'kaʊnt/ | /àkaǹtÌ/ | akantị |
| /mə'ʃin/ | /màʃIǹ/ | mashịn |
| /'ɒfisə/ | /ɔ↓fisà/ | ọfịsa |
| /eIdʒənt/ | /e↓dʒéǹtì/ | ejenti |
| /kəm'pjutə/ | /kɔmpʊtà/ | kọ̀mpụ̀ta |
| /kə'mIti/ | /kɔmItì/ | kọ̀mịtị |
| /bəŋkə/ | /bɔŋkà/ | bọnka |
| /'rəŋbə/ | /rɔbà/ | rọba |

b. Ndị nupụrụ isi

| Bekee | Igbo | Mpụtara |
|---|---|---|
| /'redʒɪstə/ | /re↓dʒìstà/ | rejista |
| /'primiəm/ | /premìʊ̀m/ | premịụm |
| /'məʊʃn/ | /moʃɔ̀n/ | moshọn |
| /'kaʊnsl/ | /kansùlʊ̀/ | kansulụ |
| /'levl/ | /levʊ̀lʊ̀/ | levụlụ |
| /'fʒtəlaɪzə/ | /fetìlaɪzà/ | fetilaịza |
| /'njutrɒn/ | /nutrɔ̀n/ | nutrọn |
| /ˌɔdɪ'tɔriəm/ | /ɔ̀dɪtoriùm/ | ọdịtorium |
| /'bədʒɪt/ | /bɔ↓dʒéètì/ | bọjeeti |
| /kə'rɪkjələm/ | /kɔrɪ↓kúlùm/ | kọrịkulum |
| /'bəfə/ | /bufà/ | bufa |

(B) **Ndapụ nkpụrụ ụda asụsụ**

| Bekee | Igbo | Mpụtara | Ndapụ |
|---|---|---|---|
| /'ɔltəneɪtə/ | /ɔtànetɔ/ | ọtanetọ | /l/ |
| /'prəʊtin/ | /potìn/ | potin | /r/ |
| /'bærəks/ | /ba↓ráàkì/ | baraakị | /s/ |
| /'gəvɜnmənt/ | /gɔv↓méntì/ | gọọmentị̀ | /v/ |
| /'kemɪstri/ | /ke↓mísìrì/ | kemisịrị | /t/ |

| | | | |
|---|---|---|---|
| /ˌpraɪm'mɪnɪstə/ | /praɪ↓mínistà/ | praịminista | /m/ |
| /ɪˌlek'trɪʃn/ | /lètriʃɪàn/ | letrishịan | /e/ |
| /'kriəʊl/ | /krio/ | krio | /l/ |

(CH) **Mkpafanye Ụda ume**

| **Bekee** | **Igbo** | **Mpụtara** | **Mwebata** |
|---|---|---|---|
| /'səlfeɪt/ | /solu↓féètì/ | solufeeti | /u/ |
| /ˌikə'nɒmɪks/ | /ɪkɔ↓nɔmíkìsì/ | ịkọnọmị́kịsị | /ɪ/ |
| /æsprɪn/ | /àsìpirìn/ | asipirin | /i/ |
| /æs'bestəs/ | /àsìbesitɔɔs/ | asịbesitọọs | /i/ |
| /draft/ | /draftʊ/ | draftụ | /ʊ/ |
| /ˌbaɪəʊ'kemikl/ | /bàjòke↓míkààlì/ | bayokemikaalị | /ɪ/ |
| /skweə/ | /sʊkwià/ | sụ̀kwia | /ʊ/ |
| /brɪ'geɪd/ | /bìrìgedì/ | birigedi | /i/ |
| /'sɪvɪks/ | /si↓víìkìsì/ | siviikisi | /i/ |
| /daɪk/ | /daìkì/ | daịkị | /ɪ/ |

(D) **Nnọchi mkpụrụ ụda asụsụ**

| **Bekee** | **Igbo** | **Mpụtara** | **Ndapụ** |
|---|---|---|---|
| /'sɜveɪ/ | /sɔfɪà/ | sọfịa | v→f |
| /'kæpɪtəlɪzəm/ | /kàpìta↓lísm/ | kapịtalism̀ | z→s |

| | | | |
|---|---|---|---|
| /'feləʊʃɪp/ | /felé↓ʃíìpù/ | feleshịịpu | əʊ→e |
| /'ekwəti/ | /e↓kwítì/ | ekwiti | ə→i |
| /'gƏvənə/ | /gɔ↓vánɔ/ | gọvanọ | ə→ɔ, ə→a |
| /'fɜtəlaɪzə/ | /fetìlaɪzà/ | fetilaịza | ɜ→a |
| /pə'ɵɒlədʒi/ | /pàtɔ↓lɔdʒì/ | patọlọji | ɵ→t |

(E) **Olilo**

| **Bekee** | **Igbo** | **Mpụtara** | **Olilo** |
|---|---|---|---|
| /Ikɒnvə'keɪʃn/ | /kɔɱvòkeʃɔn/ | kọmvokeshọn | n→ɱ |

(F) **NsetịỤdaume**

| **Bekee** | **Igbo** | **Mpụtara** |
|---|---|---|
| /'æsɪteɪt/ | /a↓sì↓téètì/ | Asiteeti |
| /'æsɪd/ | /asíídì/ | Asiidi |
| /steɪt/ | /steètì/ | Steeti |
| /'kɒlɪdʒ/ | /kɔ↓léèdʒì/ | kọleeji |
| /reɪt/ | /reètì/ | Reeti |
| /'æ’ɔɪ/ | /alɔɔjì/ | alọọyị |
| /'sɜkɪt/ | /sa↓kʊʊtù/ | sakụụtu |
| /nəʊt/ | /noòtù/ | Nootu |
| /græf/ | /gràafʊ/ | graatụ |
| /'rɒkɪt/ | /rɔ↓kéètì/ | rọkeeti |
| /'æstrənɔt/ | /a↓strɔnɔɔtʊ/ | astronọọtụ |
| /kəʊ'kein/ | /kòkeèn/ | Kokeen |
| /tʃat/ | /tʃaàtì/ | chaatị |

(G) **Mmebe Ụda yịị**

| **Bekee** | **Igbo** | **Mpụtara** |
|---|---|---|
| /'daɪəri/ | /da↓járì/ | dayarị |
| /daɪ'æspərə/ | /dàja↓spɔrà/ | dayaspọra |
| /'aɪən/ | /ajɔn/ | ayọn |
| /'æmplɪfaɪə/ | /àmplìfajà/ | amplịfaya |
| /pɔɪnt/ | /pɔjɪntì/ | pọyịntị |
| /'plaɪə/ | /plajà/ | playa |
| /'stjudiəʊ/ | /studìjò/ | studiyo |
| /'sɔɪə/ | /sojà/ | soya |
| /'dʒænjuəri/ | /dʒenu↓wárì/ | jenuwarị |
| /'februəri/ | /febu↓wárì/ | febuwarị |

(GB) **Myiri ụda ume ịnọ na mbido nkeji okwu**

| **Bekee** | **Igbo** | **Mpụtara** |
|---|---|---|
| /ɪn'ʃʊərəns/ | /nʃɔ↓ránsì/ | nshọransị |
| /ɪm'pɪəriəlɪzəm/ | /mpèrìal↓lízm/ | mperializm |
| /ɪembri'ɒlədʒi/ | /mbrìo↓lódʒì/ | mbrioloji |

| | | |
|---|---|---|
| /'enzaɪm/ | /n↓záìm/ | nzaịm |
| /ɪm'pɜsənl/ | /mpesìn/ | mpesin |
| /'ɪndeks/ | /n↓déékìsì/ | ndeekịsị |
| /ɪnsjəlɪn/ | /nsùlin/ | nsulin |
| /ˌendʒɪ'nɪə/ | /ndʒìnɪà/ | njinịa |
| /'endʒɪn/ | /ndʒìn/ | njin |

(GH) **Ọyọkọ Mkpụrụ ụda asụsụ Igbo**

| **Bekee** | **Igbo** | **Mpụtara** | **Mgbochi ume ọyọ** |
|---|---|---|---|
| /'fæktri/ | /faktrì/ | faktrị | ktr |
| /'bætri/ | /batrì/ | batrị | tr |
| /skwɒd/ | /skwɔɔdʊ/ | skwọọdụ | skw |
| /greɪd/ | /grèedì/ | greedi | gr |
| /'helɪkɒptə/ | /hèlìkoptà/ | helikopta | pt |
| /klas/ | /klaasì/ | klaasị | kl |
| /'mænjuskrɪpt/ | /ma↓núskriptù/ | manuskriptu | skr, pt |
| /'skɒləʃɪp/ | /skɔ↓láʃɪɪpʊ/ | skọlashịịpụ | sk |
| /'sækrəmənt/ | /sakra↓méntì/ | Sacramentị | kr |

## Nnwale onwe 1

Were ihe atụ abụọ abụọ gosipụta etu nhazi Igbo haziri okwu mbite siri pụtara ihe n'usoro ọdịdị ụda asụsụ ndị a:

a. Ndakọrịta ụda ume

b. Ndapụ mkpụrụ ụda asụsụ

ch. Mkpafanye ụda ume

d. Nnọchi mkpụrụ ụda asụsụ

e. Nsetị ụda ume

f. Olilo

g. Mmebe ụda yịị

gb. Myiri ụda ume ịnọ na mbido nkeji okwu

gh. Ọyọkọ mkpụrụ asụsụ Igbo

## 1.0 Mmechi

Yunit a nyochara usoro mkpụrụ ụda okwu mbite n'Igbo. Ọ tụlere ụdị mgbanwe na-adị n'ọdịdị ụda asụsụ okwu Bekee mgbe e webatara ha n'Igbo ma tụlekwaa ma ha adabara n'usoro mkpụrụ okwu Igbo. Nhazi Igbo haziri okwu mbite ndị ahụ pụtara ihe n'usoro ọdịdị ụda asụsụ ndị a: ndakọrịta ụda ume, ndapụ mkpụrụ ụda asụsụ, mwebata ụda ume, nnọchi mkpụrụ ụda asụsụ, nsetị ụda ume, olilo, mmebe ụda yịị, myiri ụda ume ịnọ na mbido nkeji okwu na ndokọ mkpụrụ ụda asụsụ Igbo. Ọtụtụ okwu mbite hubere isi na ndokọ mkpụrụ ụda asụsụ nakwa nkeji okwu Igbo ebe ụfọdụ ndị ọzọ nupụrụ isi na ndakọrịta ụda ume ya na nnọkọ mgbochi ume. Nkeji okwu ndị a tụdosiri aka ike na-enwekarị ụda olu elu. A chọpụtakwara ndagba myiri ụda ume dị ka olilo pụtara ihe.

## 5.0 Nchịkọta

Nkegasị a ga-achịkọta usoro ọdịdị ụda asụsụ okwu Bekee batara n'Igbo. Okwu mbite ụfọdụ hubere isi n'iwu ndakọrịta ụda ume Igbo ebe ụfọdụ ndị ọzọ nupụrụ isi. Okwu ndị dị ka: monopoli, mashịn, ọfịsa, kọmpụta, wdg. hubere isi n'iwu ndakọrịta ụda ume Igbo. Rejista, levụlụ, ọdịtorium, kọrịkulum, wdg. nupuru isi n'iwu ndakọrịta ụda ume.

Agba nke abụọ bụ ndapụ mkpụrụ ụda asụsụ. E nwere ndapụ mkpụrụ ụda asụsụ n'ụfọdụ okwu ndị Igbo bitere Bekee. Ụfọdụ ndapụ bụ n'ihi na ndokọ nkeji okwu Igbo anabataghị nnọkọ mgbochi ume. N'ihi ya, ebe mgbochi ume abụọ nọkọrọ, Igbo na-atụfu otu mgbochi ume. Ọmụma atụ:

ọtanetọ, potin, kemịstrị, wdg. N’ihi na Igbo enweghị njirimara mkpoolu dị ka Bekee si nwee, Igbo na-atụfu mkpụrụ ụda asụsụ /s/ ebe ọ bụla o zipụtara mkpoolu. Ọmụma atụ: baraakị.

Igbo na-ewebata ụda ume iji mepe nnọkọ mgbochi ume. Ọmụma atụ: solufeeti, asiipirin, siviikisi, wdg. A na-ewebatakwa ụda ume na mmechi nkeji okwu Bekee ebe e nwere mgbochi ume n’ihi na mgbochi ume anaghị ejedebe okwu Igbo. Ọmụma atụ: draftụ, birigedi, daịkị, wdg.

Achọpụtara m na Igbo jiri ụfọdụ mkpụrụ ụda asụsụ nọchie anya ibe ha. Ọ kachasị mkpụrụ ụda asụsụ dị na Bekee na-adịghị n’Igbo. Ọmụma atụ: patọlọji, fetilaịza, gọvanọ, wdg. Olilo pụtara ihe n’okwu mbite ndị m nyochara bụ ndagba myiri ụda ume ebe ụda imi /n/ gbanwere bụrụ /ɱ/. /ɱ/ bụ nwa ụda keegbugbere ọnụ na eze na mkpụrụ ụda asụsụ bụ mgbochi ume bụkwa keegbugbere ọnụ na eze ga-agakọ ọnụ n’okwu. Ndagba myiri ụda ume pụtara ihe na nchọcha a bụ /kɔɱbòkeʃɔn/. Nchọcha n’ọdịnihu ga-egosi ọnọdụ olilo n’okwu mbite.

Mgbanwe ọzọ pụtakwara ihe n’okwu ndị Igbo bitere Bekee bụ nsetị ụda ume. A chọpụtara na ọtụtụ nsetị Igbo setịrị okwu Bekee ndị ahụ bụ n’ihi na Igbo enweghị ụda ume mkpị. N’ihi ya, ebe ọ bụla ụda ume mkpị dị Igbo ga-ewepụ ya ma setịa ụda ume nọchiri ya. Ọmụma atụ: asiteeti, steeti, alọọyị, wdg. E nwekwara nsetị ụda ume ndị abụghị n’ihi ụda ume mkpị. Ndị a gụnyere: kọleeji, rọkeeti, astronọọtụ wdg.

Ụda ume mkpị dị n’okwu ndị Igbo bitere Bekee butere mmebe ụda yịị. Ọmụma atụ: dayarị, ayọn, amplịfaya, febuwarị, wdg. N’ọtụtụ okwu Bekee, Igbo wepụrụ ụda ume ndị nọ na mbido okwu were nye ohere ka myiri ụda ume bido okwu ndị ahụ. Ọmụma atụ: nshọransị, mperializm, mbrioloji, wdg.

A bịa n’atụmatụ ndokọ mkpụrụ ụda asụsụ Igbo, mgbochi ume abụọ anaghị anọkọ ọnụ na mkpụrụ okwu Igbo. Mana mgbochi ume abụọ ma ọ bụ karịa nwere ike ịnọkọ ọnụ na mkpụrụ okwu Bekee. Mgbe mgbochi ume abụọ ma ọ bụ karịa nọkọrọ ọnụ na mkpụrụ okwu ndị Igbo bitere Bekee, mkpụrụ okwu ndị dị etu a nupụrụ isi n’atụmatụ ndokọ mkpụrụ ụda asụsụ Igbo. Ọmụma atụ: batrị, skwọọdụ, manuskriptu, sacramentị, wdg.

Ọtụtụ okwu mbite kwadoro ihe Roach (1982) kwuru. Roach kwuru na ọkaa n’usoro mkpụrụ ụda ọ bụla na-enyocha asụsụ ụda olu kwesiri ịhụ nkeji okwu niile nwere ụda olu elu ka ha

abụ nkeji okwu nwere ndebe olu ntụdosi aka ike. A bịa n’okwu ndị ahụ Igbo bitere Bekee, nkeji okwu a tụdoro aka na-enwekarị ụda olu elu. Ihe atụ bụ:

| | |
|---|---|
| /'ɒfisə/ | /ɔ↓fìsà/ |
| /kəm'pjutə/ | /kɔ̀mpʊ̀tà/ |
| /'məʊʃn/ | /moʃɔ̀n/ |
| /'levl/ | /levʊ̀lʊ̀/ |
| /'kemıstri/ | /ke↓mìsìrì/ |
| /'sƏlfeıt/ | /solu↓féètì/ |
| /'ekwəti/ | /e↓kwìtì/ |

## Ihe omume

Dee usoro ọdịdị ụda asụsụ pụtara ihe na mkpụrụ okwu ndị dị n’okpuru.

| **Bekee** | **Igbo** | **Mpụtara** | **Usoro ọdịdị ụda asụsụ** |
|---|---|---|---|
| /mə'nɒpəli/ | /mòno↓pólì/ | monopoli | ____________________ |
| /ə'kaʊnt/ | /àkaǹtÌ/ | akantị | ____________________ |
| /'prəʊtin/ | /potìn/ | potin | ____________________ |
| /'bærəks/ | /ba↓ráàkì/ | baraakị | ____________________ |
| /æs'bestəs/ | /àsìbesitɔɔs/ | asịbesitọ̀ọs | ____________________ |
| /draft/ | | /draftʊ/ | draftụ |

## 6.0 Nrụmaka/Ngụmi

Ajụnwa, Enoch. (2008). Igbo virgin words: A panacea to loan abuse. *Journal of Igbo studies*. Vọl. 3, ihu 8-17.

Akinlabi, Akinbiyi. (2008). Yoruba: A Phonological Grammar. Book Proposal Presented at the Conference on Documenting African Language Grammars held in California, USA in April.

Aziza, R. & Utulu, D. (2003). Loanword Phonology: English in Urhobo and Yoruba. Paper Presented at 34th WOCAL, Rutgers University, New Jersey.

Boersma, Paul and Silke Hamann. (2007). Phonological Perception in Loanword Adptation. Na www.fon.hum.uva.nl/paul/…/BoersmaHamannOCP4.pdfenyochara na 09/10/2010.

Burenhult, Niclas. (2001). Loanword phonology in Jahai. Na up.lub.lu.se/luur/download?func=downloadfile&recordOl. Ụbọchi mbutu, 08/10/2010

Chávez-Peón, M. E. (enweghi deeti). Loanword phonology in San Lucas Quiaviní Zapotec (SLQZ) na www.sfu.ca/gradlings/NWLC_Proceedings/chavezpeon10-19.pdf Ụbọchi mbutu 09/10/2010.

Golston, Chris & Phong Y. (2010). White Hmong loanword phonology. Na ww.zimmer.csufresno.edu/~chrisg/index…/HmongLoans.pdf enyochara na 09/10/2010.

Hyman, L. (1970). The role of borrowings in the justification of phonological grammars. *Studies in African Linguistics.*Vọl. 1, ihu 1-48

Kenstowicz, M. (2005). The phonetics and phonology of Korean loanword adaptation. Paper presented at First European Conference on Korean Linguistics, Leiden University, February.

Kenstowicz, M. (2006). Tone loans. The adaptation of English loanwords into Yoruba. Selected Proceedings of the 35th Annual Conference on African Linguistics, John Mugane et al. (Ọhz.), ihu 136-146. Somerville, MA: Cascadilla Proceedings Project.

Mbah, B.M. & Mbah. E. E. (2010). Topics in phonetics and phonology: Contribution from Igbo. Nsukka: Paschal Communications.

Mbah, B.M. & Ezema, C.A. (2018). E nwere mgbagha ndakọrịta ụda ume n’Igbo? *Nsukka journal of humanities*. Vọl 26, Nọ 1, ihu 90-97

Mbah, B.M. (2021). Igbo: *Ọsanye okwu Igbo na nkọwa ya*. Nsukka: K&B Printing Press.

Oyebade, F. (2006). Prosodic structure preservation and English loanwords in Yoruba: A constraint-based account. Paper presented at the 20th Conference of the Linguistic Association of Nigeria held at NERDC, Sheda, Abuja, Nọvemba 12-15.

Roach, Peter. (1982). On the distinction between ‘stress-timed’ and ‘syllable-timed’ languages. N’ime D. Crystal (Ọhz.). *Linguistic controversies*. London: Edward Arnold.

Uwalaka, M. A. (1996). *Fonọlọjịna ntọasụsụ Igbo*. Ibadan: Kraft Books Limited.

Yip, Moira.(2002). Perceptual influences in Cantonese loanword phonology. *Journal of the phonetic society of Japan* Vọl. 6 ihu. 4-21. Na web.mit.edu/linguistics/people/…/Korean_loanword_adaptation.pdf. Ụbọchi mbutu 08/10/2010.

Yip, Moira. (2006). The symbiosis between perception and grammar in loanword phonology. *Lingua* Vọl. 116, ihu 950-975. Na www.phon.ucl.ac.uk/research/ phonology.html. Ụbọchi mbutu 08/10/2010